# Erimma

Si n'aka

**J. U. T. Nzeako**

Nke

*Uzo Egonu sere ihe osise*



NELSON

THOMAS NELSON (NIGERIA) LTD
PO Box 336 Apapa Lagos

THOMAS NELSON AND SONS LTD
36 Park Street London W1Y 4DE
PO Box 27 Lusaka
PO Box 18123 Nairobi
PO Box 21149 Dar es Salaam
77 Coffee Street San Fernando Trinidad

THOMAS NELSON (AUSTRALIA) LTD
171-5 Bank Street South Melbourne Victoria 3205

THOMAS NELSON AND SONS (CANADA) LTD
81 Curlew Drive Don Mills Ontario

© J. U. T. Nzeako 1973

All rights reserved. No part of this publication may be reproduced, stored in a retrieval system, or transmitted, in any form or by any means, electronic, mechanical, photocopying, recording or otherwise, without the prior permission of the publishers.

First published 1973

0 17 511370 X

Printed by Butler & Tanner Ltd Frome Somerset
Phototypeset by Trade Spools Frome Somerset

# Okwu Mmalite

N'ime akwụkwọ nile m dere, ihe m na-ejisi ike ime, bụ ka m nye ụmụ akwụkwọ na-amụ asụsụ Igbo, na ndị ọzọ na-agụ Igbo, ihe ga-eju ha afọ ka nri, n'ihi na a dịghị akọ ofe e siri nke ọma ọnụ.

Ana m agba kwa ndị chọrọ na ndị nwere ike ide asụsụ Igbo ume, ka ha jisie ike, n'ihi na mmadụ hapụ ịracha ọnụ ya, ụgụrụ emee ya imi imi aja aja. Ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ka anyị jisie ike nye asụsụ Igbo oche kwesịrị ya n'ebe asụsụ ndị ọzọ dị n'ụwa dị. Igbo nwere omenala na ilu dị ụtọ n'ịgụ n'ime akwụkwọ, n'ihi ya, o kwesịrị ka anyị jisie ike depụta ha wee ghara ịbụrụ ofeke, nke na-amaghị mgbe ndị ụlọ ya jiri kechaa nkụ ụkwa.

Ndị ọ bụla gụrụ akwụkwọ ndị ọzọ m dere, bụ Ọkụkọ Agbasaa Okpesị, Chi Ewere Ehihie Jie, na Omenala Ndị Igbo, ga-ahụ na aka na-ede ha, a bụghị aka a na-akwọghị nke ọma, nke na-aga n'ọkụ nri ngana ngana.

N'ime akwụkwọ a, akọrọ m akụkọ banyere otu agbọghọ bụ Erimma, nke mere ka ndị okorobịa dị n'obodo ahụ kụrịta ọkpọ n'ihi ya. Erimma jiri mma kpaa amụ. O tozuru ihe eji nwanyị eme. O nwere akpa uche juru eju. Ma nke na-awụ mmadụ nile akpata oyi n'ahụ, bụ mkpụrụ anya ya abụọ, nke na-eme ka ajị nile dị nwoke n'ahụ kwụrụ kpụụ. Ma oke aghara dapụtara n'etiti nne na nna ya, n'ihi ikenye ya di, ma ka nke a gasịrị, ha jikọrọ obi ọnụ wee chọọ ka ha kenyere ya di ga-abara ya uru ogologo ndụ ya.

Ma otu ihe chọrọ ịgbasa ha nile bụ ihe gbasara nne na nna ịchọ ịhọpụtara ada ha, nwoke ha chọrọ ka ọ lụrụ ya. Ịhụnanya a dịghị otu, n'ihi na mgbe ụfọdụ, ịhụ n'anya nwanyị nwere n'ahụ nwoke, na-eme ya ka ọ hapụ ịlụrụ onye

ọzọ ga-eleta ya anya nke ọma. Mgbe ụfọdụ, ihe ada ahụ tụpụtara n'uche ya na-abara ya uru karịa.

Mgbe unu gụdara akwụkwọ a, unu a ghaghị ịhụ otu ha siri jiri ụkwụ wee chọpụta ihe danyere n'ime mmiri. Akụkọ nke a dị ụtọ nke ukwu, n'ihi ya, gụrụ ya gawa, mgbe ọnwa zuru, ka onye ọlụ rie ụgwọ. Ndị ụlọ anyị kwenu, kwenu, kwezuo-nu.


# 1

Izugbeakụ gbara ọsọ ka nkịta na-awị ara, na-achaghar ị anya ka onye anya na-ezughị oke, tiri mkpu gbapụta n'iro ogbe Onyeanisi, wee hapụ ọnụ ya aka, kwuo ihe ọnụ jụrụ ya, na nke ọnụ na-ajụghị ya. Ma ihe na-apụ ya n'ọnụ kwa mgbe, kwa mgbe bụ, "Onye na-akpa akụ, ma ọ dịghị eri ihe ahụ ya chọrọ, biko gaa hụrụ ka ọnụ ndị nwụrụ anwụ dị-o."

Ọ bụrụ na o nwere akwa dị ya n'ukwu, ọ mataghị. Ọ bụrụ kwa na akịsị dị ya n'isi, ma ọ bụ na ọ ghapụla n'ụzọ, ọ bụghị nke ahụ ka ọ na-eche. Ma ọ mụtara nwa, ka ọ gbara ịga, a bụghị ihe dị ya n'obi, n'ihi na ụwa na ndụ ya dị, ejula ya afọ ka nri.

Anya mmiri na-aga ya n'anya poko poko, ahụ ya nile bụrụ mmiri mmiri ka nke onye sara ahụ, ma ọ dịghị ahụ ọ sara. Ndị obodo, ma nwoke ma nwanyị, ndị okenye na ụmụ-ntakịrị, ha nile gbakọzuo, ma ndị chidoro ara ha aka wee na-agba onye agbapụghị ya chaara mbe, ma ndị jiri mkpọ ha na-agbaga otu ha nwere ike, ha nile, onye gbaruo n'ebe Izugbeakụ na-atụgharị onwe ya n'ala wee-lee ya anya n'ahụ, isi ebuo ya tii, n'ihi na Izugbeakụ nwere ahụ e jiri ama atụ n'obodo ahụ, n'akwọ mụrụ mụrụ, dị lọtọọ, ugbu a, aghọrọla ala ajịrịja. Mkpụtamkpụ juputa ya n'azụ, ma na-agba ọbara, nke gosiri na ọ dị otu mmiri siri banye n'ogu ụgbọgụrụ, nke ọzọ, na ọ dị ihe mere ede jiri bee 'nwụrịm' n'ọkwa.

Ndị obodo, ma nwoke, ma nwanyị kpọọ ya aha wee jụọ ya olee ihe mere? Iwe juputa ya obi, ọnụ ekweghị kwa ya kọpụta ihe mere awọ jiri gbaa ọsọ ehihie. Ma ndị mmadụ, onye lee ya anya, ọ kpọọ n'ubu, kwuo na ihe mere Izugbeakụ bụ mmadụ egwu na amụ jiri kwaa akwa arịrị dị otu a tara akpụ.



". . . . ha nile gbakọzuo . . . ."

Ndị mmadụ ajụọla Izugbeakụ n'elu, jụọ ya n'ala ihe mere ọkụkọ jiri malite ibe "foro teghete, foro teghete" ma o nweghị ike sapụta ọnụ kọwara ha. Ndị mmadụ wee iwe, malite ịlaghachi n'ụlọ ha n'otu n'otu, kwuo na ọ bụghị ha tagburu ihe tọgbọrọ. Ndị ọzọ hapụ ọnụ ha aka, baara ya oke mba, ma jụọ ya olee otu o siri eleda ha anya dị otu a. Ha jụọ ya ma ọ chere na ọ bụ nkịta na-agbọ ụja, na ọ bụghị mmadụ na-ajụ ya ajụjụ?

Izugbeakụ chịkọrọ isi akwa o jiri eriri kedo n'ukwu ya wee hichapụ ọnụ mmiri na anya mmiri na-aga pem pem n'ihu ya. Mgbe ahụ ka o jiri gbaa mbọ ka o kwuputa okwu, ịkọrọ ha otu ya siri lụọ di ndị ọzọ na-alụ, nke ya bụ onye ajọ chi wee pụọ iche.

Izugbeakụ sị ha, "Ọ bụ Nnajiọfọ, o gbuela m, o tigbuela m, o meela m ihe anya hụrụ wee gbaa ọbara, n'ihi na ọ dịghị ọnụ ga-ekwuru m. Ọ dịghị onye ga-agbachiri m, o mechaala ihe ụche ya gwara ya mee. Ọ dịghị kwa otu ihe m, mere ya kpatara o jiri mee m ihe a na-eme ogbenye. Lee m, hụrụ ka ahụ m dị. Lee aka, isi, ahụ, ụkwụ na ihe m nile. Ewo! Chi m, ịhụla m otu ị dotara m taa?"

Mgbe ahụ, ọtụtụ mmadụ agbaghachila azụ, were ntị ha nụrụ ebenebe gburu. Ọtụtụ mmadụ taa aka n'ọnụ ha, kwuo na ha amataghị na Nnajiọfọ na-ewe iwe ọkụ dị otu a, nke mere ya tie Izugbeakụ ihe dị otu a. Ndị ọzọ taa muri muri, kwuo na ha a gaghị eke okwu nanị mgbe ha nụrụ olu otu onye, n'ihi ya ka ha gaa nụrụ ihe Nnajiọfọ nwere ikwu, nke mere ka ịhụ n'anya o nwere n'ebe Izugbeakụ nọ fuo n'otu mgbe, o wee makwasị ya ka agụ wee nyụọ ya anya.

Ugbu a, ndị obodo agbaala ụzọ abụọ. Otu ụzọ nọdụrụ na-etiri Izugbeakụ aka n'obi, ma na-achọ ka ha nụtachaa ihe butere njọ ụbọchị ahụ. Ndị ọzọ gaa n'ụlọ ka ha nụrụ olu di ya bụ Nnajiọfọ. N'ime ndị ahụ na-aga n'ụlọ Nnajiọfọ, otu ụzọ nwere iwe n'obi ha, na otu o siri were aka dimkpa tie nwanyị ya ihe dị otu a, a dịghị mma. Otu ọzọ na-aga ka ha gbaa asịrị, ma nụta nke ha ga-akọrọ ndị ọzọ, otu ọkụ siri agba ụlọ Nnajiọfọ.

Unu matara nke ọma na ọ bụghị mmadụ nile ka obi na-atọ ụtọ mgbe di na nwunye na-ebi n'udo. Ma ọ dị n'elu, ma ọ dị n'ala, ọ dịghị onye ga-amata ihe ibe ya nwere n'obi, nanị ma o kwuputere ya, ma ọ bụ mee omume ga-egosi ya.

Ugbu a, ihe jidere Izugbeakụ aka ike ahapụwala ya aka,

ọnụ ya wee malite ịgba ka ụkpaka, ịkọrọ ndị gbara ya gburu gburu otu o siri ghọrọ onye ajọ chi nke tiri nwunye di ya ihe n'isi, ụkwụ ya wee zaa. "Ọ dịghị ohi m zuru, agbaghị m ama. Ọ bụ nanị na m kwuru na ada anyị bụ Erimma etozubeghị oke ịlụ di. Okwu agwụla. Nnajiọfọ wee jụọ m ihe m kwuru, m wee kwuo ya ọzọ. O wee tie m aka na ntị; nke mere ka obo ọkụ pụọ m n'anya. M wee dapụ n'ala, amịrị ọkụ wara m, m tie nne m na nna m, chi m na aka m. O wee bịaruo m nso, tie m ọkpọ otu o nwere ike, gba m ụkwụ otu o nwere ike wee kajiri otu osisi gbabere n'elu oloma, kajie ya wee tie m otu ọ chọrọ, ruo mgbe ike gwụrụ ya." Mmadụ nile saghepụ anya, ọnụ na ntị ha na-ele ya otu ezi anya.

Otu onye jụọ ya sị, "Olee ihe mere na i tighi mkpu ka ndị mmadụ gbakọta?"

Ọ gwa ya sị, "Ọ gbachiri ụzọ, ka mmadụ ghara ịbata n'ụlọ anyị ruo mgbe o mechara ihe dị n'ime uche ya. Nke ọzọ, ọ dịghị ụzọ m hụrụ isi gbapụ ọsọ, n'ihi na ọ dakwasịrị m na izima. Ọ bụla ube arụ, atataghị m ya n'ahụ. Ọ dịghị otu mbọ m gatara ya, o wee mechaa ihe a nile. Ugbu a, lee m anya n'ahụ."

Onye ọzọ jụọ ya sị, "Mgbe ahụ unu nọ na-eme ganịganị, olee ihe ada gị nwanyị mere dị ka onye ị na-achọ ịga n'ihu ya?"

"Ọ dịghị otu ihe nwata nwere ike ime, n'ihi ya ọ nọdụrụ na-etigbu onwe ya na ala, ma na-arịọ nna ya ka ọ hapụrụ ya nne ya. Ugbo abụọ ka nna ya kwapụrụ ya n'ebe ọ na-ejide ya n'aka, ime ka ọ ghara itikwa m ihe, Erimma wee dapụ tụgharịa n'ala. Ma o chifuru ahụ ya, amaghị m ugbu a."

Ọtụtụ mmadụ wee maa ọsọ, kwuo na Nnajiọfọ na-ewe ka onye nwe ihe ga-amata. Ha jụọ ma ọ gwụchaala ihe na-esere ha okwu, mere Nnajiọfọ jiri malite ile ọkpụkpụ aka okorobịa ya n'ahụ Izugbeakụ. Ọ bụ gịnị mere ha na-agaghị eji otu ọbi ha nwere wee mụta nwa ahụ, ma zulite ya, mgbe ha chọrọ ikenye ya di?

Ndịnyom gbakọtara n'ebe ahụ wee malite ịkasi ya obi, gwa ya nwee ndidi, n'ihi na chinchi gwara nwa ya nwee ndidi na ihe dị ọkụ a ghaghị ịjụ oyi. Ma o kwuru na nwanne ya nwoke na ndị nwanyị a ghaghị ịnụrụ na ntị ha, ma were anya ha abụọ abụọ hụ ihe di ya bụ Nnajiọfọ mere ya n'ehihie ụbọchị ahụ.

O wee bilie ọtọ, o tichaghị aja dị ya n'ike, o hichapụghị

kwa anya mmiri juputara ya n'anya, wee malite ịga n'ụlọ nne mụrụ ya. Ọtụtụ mmadụ rịọ ya n'elu, rịọ ya n'ala ka ha tinye ọnụ ha n'okwu ahụ. Ọ gwa ha na tupu ya ekwere, nne ya na ụmụ-nne ya ga-ahụ ya anya. Ha wee hapụ ya, nanị mmadụ ole na ole na-esota ya n'azụ wee na-arịọ ya, ma ndị ọzọ gara n'ụlọ ịnụrụ olu di ya.

Nnajiọfọ nọdụrụ n'oche n'ụlọ Obi ya, chido ụtaba n'aka, wee na-ele anya n'ezi. Ihe nile mere n'ụlọ ya dị ya ka ha bụ na nrọ. Onwe ya gbara ya gharịị n'ihi na nkịta nyụọ ahụ isi, ala achụwa ya ọsọ. N'ihi ya, Nnajiọfọ nọdụ nwayọ, na-ele otu ezi anya, moo.

Nwoke mbụ meghere ụzọ wee banye n'ụlọ ya bụ enyi ya nwoke, bụ Aghaibeka. O tughi Nnajiọfọ aha dị ka ọ na-eme mgbe nile, kama, o jiri nwayọ banye n'ụlọ wee kpọrọ Nnajiọfọ gaa n'azụ ụlọ, wee gwa ya na ihe o mere jọrọ njo, bụ iti nwunye ya ihe nke ga-eme ka obodo nile gbakọzuo. Nnajiọfọ na-ele ya ka atụrụ. Aghaibeka gwa ya na agwọ abanyela n'ime akịrịka, na nwunye ya agaala n'ụlọ ha ka ọ kọọrọ ndị mụrụ ya ihe o mere ya, niihi ya, ka o mee ngwa ngwa gaa ime ka ọ ghara ịgaru. Ọ gwa ya mee ihe ọ bụla, ma ọ dị n'elu, ma ọ dị n'ala, nke ga-atụghari echiche Izugbeakụ ka ọ laghachi azụ.

Ọ gwara ya na ọ hapụ ya ka ọ laa n'ụlọ ya, ọ ghaghị imefuru ya ego dị ukwu, ọ bụghị ịbọrọ nze ike bụ n'ebe okwu dị, ọ bụ ịhụ ihe ga-esota omume ahụ. Mgbe ọ gwara ya nke a, Nnajiọfọ lee anya n'elu, lee anya n'ala, ọsịsọ juputa ya ahụ. O kwenye na ya ga-eme otu enyi ya nwoke gwara ya ka o mee. O wee site n'azụ ụlọ ya gbapụ n'ezi, ma were ọsọ gaa ka ọ hụ nwunye ya n'ụzọ, tupu ọ garuo n'ebe nne mụrụ ya.

Ma mgbe ahụ ọ na-apụ ịga, igwe mmadụ na-abanye n'ụlọ ya, ma ndị jiri iwe, kwuo na ihe dị abụọ, otu aghaghị ime, ma ndị chọrọ ịtụrụ ya ụka otu ọ ga-esi kpezie ọzọ, ka ya na Izugbeakụ biri kwa n'udo ọzọ. Mgbe ha na-ahụghị ya, ha nọdụ ala kwuo na ọ ghaghị ịpụta n'ezi n'ụbọchị ahụ, ka ha jiri anya ha hụụ ya, n'ihi na ha chere na ọ gbakpuru n'ime ụlọ n'ihi oke ụjọ.

Nnajiọfọ agbaala ọsọ ogologo ụzọ ma ọ hụghị ya. Ọ bụ ezie na ọ na-ezute ndị mmadụ n'ụzọ, ọ dịghị ele ma ọ bụ nwoke, ma ọ bụ nwanyị anya n'ihu, ma ọ bụ kwee mmadụ ọ bụla ekele. Nke a mere ka oke ụjọ jide otu dimkpa bụ nwadiala ya, n'ihi na o chere na ọ na-aga ịkwụ ụdọ n'ọhịa.



". . . . ha abụọ jidere aka na-aga ka a ga-asị na ọ dịghị ihe ọbụla mere . . . ."

Okoro ahụ chịrị ụkwụ nkịta chụwa ya, ruo mgbe o rutere ya nso wee makudo ya n'olu, gwa ya laghachi azụ.

Nnajiọfọ gwa ya na o di n'ebe di ya oke mkpa ya chọrọ ịga ọsọsọ, ma onye ahụ jụrụ kpaa aka na ntị. O wee rịọ ya arịrịọ nile ọ mụtara, ruo mgbe onye ahụ chọpụtara na ihe o chere n'obi ya a bụghị ihe Nnajiọfọ na-aga ime. O wee hapụ ya, Nnajiọfọ were kwa otu ụkwụ ọsọ eleghị anya n'azụ gawa. Start 10-26

Ma ndị mmadụ nụrụ ihe mere eme na-ekwu ntụrụbịbị n'ọnụ ha, banyere ihe ahụ mere eme, n'ihi na ihe akụkọ ndịnyom jiri aga ọhịa nku, ma na-echu kwa mmiri emeela, ọnụ ha na-agbazị ka ụkpaka.

Ọ fọdụrụ ihe nta ka Izugbeakụ rute n'ụlọ ha, mgbe Nnajiọfọ jiri zute ya wee gbara ọsọ gaa makụọ ya wee susuo ya ọnụ, rịọ ya n'elu, rịo ya n'ala, ma kwe ya oke mkwa ihe nile ya ga-emere ya, na ihe ndị ya ga-azụtara ya ma ọ gbaghara ihe gara aga. Mmadụ nile nọdụrụ n'ebe ahụ wee na-ele ha abụọ otu ezi anya, ka ha hụụ ihe ga-eme n'etiti ha abụọ.

Izugbeakụ lee ya anya, obi daa ya jụụ, o wee cheta ịhụ n'anya o nwere n'ebe Nnajiọfọ dị. O bulite ihu ya lee elu igwe ma lee Nnajiọfọ anya n'ime anya, anya mmiri bịa ya n'ihu.

Nnajiọfọ were aka ya hịchapụ ya anya mmiri, wee susuo ya ọnụ ọzọ, rịọ ya mgbaghara ma kwe ya mkwa ọzọ na ya apụghị isepụ aka tie ya ihe ọzọ n'ụwa.

Ọ dị ka ihe dibia gwọrọ agwọ, ha abụọ chịrịta ọchị, ma jiderịta onwe ha aka. Emesịa, Nnajiọfọ lee ahụ Izugbeakụ wee kelee ya ndo. Izugbeakụ kwe ya, ma ahụ ha abụọ na-ama jijiji. Ha abụọ matara nke ọma na ọ bụ ekwensu mere ihe ọjọọ ahụ, n'ihi na malite n'oge ha jiri bụrụ di na nwunye, Nnajiọfọ akụbeghị ya aka, ma ha eseghị okwu otu ụbọchị. Ọ bụ ekwensu na ndị ọgụ ya, mụnyere oke ọkụ ahụ na-enwu n'etiti ha.

Mgbe nwa oge gara, Nnajiọfọ gwa ya ka ha laghachi azụ, Izugbeakụ kwenyere ya, ha abụọ wee chigharịa laghachi. Ma ọnụ apụghị ndị nile na-ele ha anya okwu, n'ihi na ha ahụbeghị ihe dị otu ahụ na mbụ. Akụkọ ahụ wee gbasaa n'obodo ahụ ka ire ọkụ mgbe ha na-erutebeghị n'ụlọ ha. Ọtụtụ mmadụ wee gbakọta ka anya ha hụ ihe ntị ha nụrụ, ma lee, ha abụọ jidere aka na-aga ka a gà-asị na ọ dịghị ihe ọbụla mere n'ụbọchị ahụ, wee ruo mgbe ha rutere n'ụlọ ha.

# 2

Mgbe ha batara n'ụlọ wee hụụ igwe mmadụ bụ aja dị n'ala n'ụlọ ha, obi lọọ Nnajiọfọ mmiri, n'ihi na o chere na ọ bụ ndị ọgọ ya gbakọtara n'ụlọ ya. O wee legharịa anya nke ọma, wee mata ihu ndị ahụ gbakọtara n'ụlọ ya. Ma ha abụọ jikọtara aka wee na-aga. Ibubo wụọ ndị ahụ nile gbakọtara n'ebe ahụ n'ahụ. Ma nwoke, ma nwanyị, ha lerịta ibe ha anya, mgbe ha hụrụ ndị mere ka obodo ahụ kpoo ọkụ n'ehihie ahụ ka ha jikọrọ aka na-aga.

Mgbe ahụ, oke ụzụ tụrụ, mmadụ nile wee chịrị ọchị, ma nwoke, ma nwanyị chọwa ụzọ ụlọ ya. Akụkọ ihe mere n'ụbọchị ahụ gazuo obodo nile gara ala ahụ gburu gburu. Onye were ntị ya nụrụ akụkọ ahụ, ọ gbaa n'aka, kwuo na ya apụghị ịga ikpe di na nwunye, n'ihi na mgbe ha chọrọ idozi ihe na-esere ha, ha ewere onye ahụ malite itọ ụtọ ha ọzọ.

Ọ dighị kwa otu nwoke ma ọbụ nwanyị batara n'ụlọ ha ka ọ mata otu ha siri doziere onwe ha okwu, nanị nwa-oge ha jiri menyechaa onwe ha ihere n'ihu. Mgbe Erimma nọdụrụ na-ebe akwa, hụrụ nne na nna ya ka ha jidere aka wee bata n'ụlọ ha, ihe ahụ gbagwojuru ya anya, n'ihi na ọ hụbeghị ihe dị otu ahụ, ma ọ hụbeghị kwa nne na nna ya ka ha na-ese okwu, ma ọ bụ lụọ ọgụ.

Erimma wee hichaa anya ya abụọ, pụọ n'ezi, ma ọchị juputara ya n'ihu. Ma o ji ọdụdụ anya na-elegara ha anya, ka ọ mata ma ihe ahụ ọ hụrụ ọ na-eme na nrọ. Emesịa, Nnajiọfọ kpọọ ya aha, ọ zaa ya, wee gaa ka ọ mata ihe o jiri kpọkuo ya. Mgbe o rutere, nna ya gwa ya were oche. O wee nọdụ n'ihu Erimma kwe Izugbeakụ mkwa na ya agaghị akpa ya aka n'ahụ ọzọ. Mgbe ha kpụ okwu ahụ n'ọnụ, enyi ha nwoke bụ Osuinyi were mkpọ ya n'aka meghere ụzọ

banye n'ụlọ, o ji ude aga, o ji ude ala na-asụ ude. O tuo Nnajiọfọ aha, jụọ ma ọ nọ n'ụlọ. Nnajiọfọ zaa ya, ma gwa ya bata n'ụlọ, ọ banye lee ha nile anya n'ihu, ha nile nwee ihu ọchị. Ihe ahụ nile gbagwojuo ya anya otu Nnajiọfọ na Izugbeakụ jiri nọdụ ala n'otu oche, Izugbeakụ dabere n'ụkwụ ya, bụ ndị mere ka obodo ahụ kpọọ aghara n'ụbọchị ahụ.

Nnajiọfọ gwa ya were oche, ọ gaa nọdụ ala, ma were mkpọ ya dota n'azụ oche ahụ, ọ gbabere n'ahụ aja ụlọ. Mgbe ahụ, uche Osuinyi malite ịgba gburu gburu ka elekere, n'ihi na ihe ọ hụrụ mgbe o rutere, a bụghị ihe o chere na ya ga-ahụ.

Nnajiọfọ lugharịa Izugbeakụ, wee gwa ya chere ka ya bilie. Izugbeakụ wee bilie nọdụrụ onwe ya. Nnajiọfọ bilie nke ya, gwa Erimma ka ọ gaa ghọtara ya ọse nwa-ụtọrọ ka ha were taa ọjị. Erimma kwe ya gaa. Nnajiọfọ gaa n'ime ụlọ ọ na-ehi ụra, ma oge a dịghị anya mgbe o jiri pụta, jide ọkwa ọjị n'aka nke mkpụrụ ọjị na mkpụrụ nzu dị n'ime ya. Mgbe ọ gara n'oche nọdụ ala, o were nzu tụọ n'ala wee bunye Osuinyi ọkwa ọjị ahụ, gwa ya na ya enweela ọjị. Osuinyi sepụta aka ya nke tụrụ agwa, n'ihi na mmiri ọkụ wụrụ ya n'aka mgbe ọ dị n'okorobịa, wee nara ya ọjị ahụ ma kelee ya nke ọma.

O were nzu tụọ nke ya wee tinyekwa ya n'ime ọkwa. O were uche ya gbaa ogige wee mata nke ọma na ọ bụ ya ga-awa ọjị ahụ. Ma ọ chọrọ ka o mee ihe otu o siri kwesị ekwesị, o wee jụọ Nnajiọfọ sị ya, "Ọ bụ m mee ya ka e siri eme ihe?" Nnajiọfọ zaa ya sị, "E—, ọ bụ gị bụ dibia nwe ịchụ aja." Ha abụọ dapụ n'ọchị. Osuinyi kwacharịa akpịrị ya, maa ọnụ uhie wee bulie ọkwa ọjị ahụ elu kwuo sị, "Olisa pụrụ ime ihe nile, Nwoke nwere anya dị ukwu wee na-ele ụwa nile anya, onye nwere ike karịa mmadụ nile, dibia kachasị dibia nile, onye kere elu-igwe na ụwa, wee zachasịa mbara igwe ọ dị ọcha gbaa, anyị ekelee gị. Bịa were ọjị a gọziere anyị. Ma chụpụrụ anyị ihe ọjọọ, ndị ajọ mmadụ na izuzu ekwensu dị iche iche, n'ebe ị matara nke ọma na anyị bụ ụmụ gị, bụ ụmụ-ntakịrị na-asa ahụ n'afọ."

Mgbe o kwuchara nke a, o welie ọnu ya na-ada ka egbe elu-igwe kwuo sị, "Onye nwe mmadụ, biko meere anyị amara, ma napụta anyị n'aka ndị na-achọ ndụ anyị, n'ihi na ọ dịghị ihe anyị mere ndị ajọ mmadụ. Anyị a dịghị egbu

mmadụ. Anyị a dịghị amanye mmadụ ibe anyị, ma nara ya ihe o nwere n'ike."

Mgbe ahụ, Nnajiọfọ zaa ya sị, "Ọ́ bụ̀ ihe mere eme!"

O kwuo kwa sị, "Ọ dịghị onye anyị mejọrọ, anyị a dịghị agba mmadụ ibe anyị mgbụgba, ma onye chere na ndụ anyị dị a dịghị ya ụtọ, ya soro ọkụkọ lakpuo ụra. Onye hụrụ anyị wee cheta nwa ya nwụrụ anwụ, nke dị ndụ mee ihe ibe ya mere. Ma onye hụrụ anyị wee nwee obi ụtọ, ihe nile na-agara ya nke ọma."

Nnajiọfọ tie mkpu sị, "Ọfọ."

Osuinyi sị, "Ndị ichie ukwu na ndị ichie nta, biko gbaanụ izuzugbe n'ihi na a chụọ aja uriom, udele adaa. Onye mara nke ọ na-eri, ya were. Nwa mmụọ emegbula nwa mmadụ, ma nwa mmadụ emegbula nwa mmụọ, n'ihi na anyị kwenyere na egbe bere, ugo bere, ma nke ọ bụla kwuru ibe ya ebela, nku kwapụ ya."

Nnajiọfọ zaa ya sị, "Ọ bụ ihe mere eme."

Osuinyi kwuo sị, "Eze-enyeren'aka Nnajiọfọ ndụ gị." Nnajiọfọ zaa ya sị, "Ndewo!" O kwuo ọzọ sị, "Oriakụ Izugbeakụ ndụ gị, ndụ ada gị bụ Erimma. Ndụ nke m na ndị ụlọ m, n'ihi na nwa dibia na-egbu opi na-ehicha imi, nke ọzọ, Okoye Ugokwe kwuru sị, ihe ya kwuru ya emela mmadụ, ya emela ya."

Nnajiọfọ zaa ya sị, "Osuinyi, ị ga-agọka nka-o."

Mgbe ha na-ekwu nke a, ada Nnajiọfọ bụ Erimma chịrị ose nwa-ụtọrọ ọ ghọtara bịa wee wụnye ha n'ime ọkwa ọjị ahụ. Osuinyi were aka ọjị ya taa, n'ihi na ọ gaghị awa ọjị Onyekwu. O were kwa otu ose nwa-ụtọrọ taa, wee bunye Nnajiọfọ ọjị. Nnajiọfọ nara ya, were nke ya taa, were kwa ose taa wee bunye Izugbeakụ, o were nanị ọjị, ma kwuo na ose ahụ ga-afụ ya ụfụ nke ukwu. Erimma bụ onye jụrụ kpam kpam na ya a gaghị ata ọjị. Nnajiọfọ kwachaa akpịrị ya, bilie wee buru ọkwa ọjị ahụ dota ya n'elu ikpo, bịaghachi were oche ya.

Osuinyi kwachaa akpịrị ya, kwaa oke ụkwara. Osuinyi nwere oke ụkwara na-enye ya nsogbu. Nnajiọfọ kwuo na ihe ya na nwoke na-alu ọgụ buru oke ibu. Osuinyi zaa ya sị, "Aghaghị m imeri ya, ọ na-eme n'efu."

Mgbe ha tachara ọjị ahụ, Osuinyi kwee n'isi, kelee Nnajiọfọ n'ihi ọjị o wetara, ọ kwe ya. O wee kwughe ite okwu o buru bịa, wee gwa Nnajiọfọ na ọ bụrụ na a sọkata

eze anya, e-kpuru nkata wee gwa ya okwu. Ọ gwa ya na ọ bụ n'ihi ihe mere n'ụbọchị ahụ ka ya jiri bịa ka ya doziere ha okwu ahụ. Ma ugbu a, na ya ejirila anya okenye jiri ahụ ihe danyere n'ime mmiri wee hụụ na ihe gbagọrọ agbagọ akwụrụla kpụụ. O wee kelee ha abụọ ekele otu ha siri dozie okwu ahụ dịịrị ha. O kwuo na nke ahụ pụtara na ha nwere uche ịhụ na ihe banyere ha abụọ na-aga nke ọma. O wee sapụta aka kwe ha abụọ n'aka.

O wee gwa ha na okwu di na nwunye bụ mmadụ abụọ ahụ o metụtara na-edozi ya, ma ọ bụrụ na o kweghị ha dozie, ikwu na ibe na ndị enyi ha abịa soro tinye ọnụ ha n'okwu ahụ. Ọ gwa ha na ihe ya jiri bịa n'ụlọ ha, a bụghị ka ha kọọrọ ya ihe kpatara okwu na ihe otu onye, ma ọ bụ onye ọzọ mere, ma ọ bụ ka ya dọọ ha aka na ntị, n'ihi na e jighị akpata a tufuo abụrụ ọgaranya. Ọ gwa ha na ya a gaghị achọ ka nwa nnụnụ bere n'ụbọchị ahụ bee ọzọ. Ọ gwa ha na ọ bụrụ na ọnụ ekwughi ihe afọ riri, mmadụ ọzọ a gaghị amata.

Ọ gwa ha na obi ga-adị ya mma ma ọ bụrụ na malite n'ụbọchị ahụ, na ha ewepụta obi ha na-ebi n'udo. Ọ bụrụ na o nwere ihe dịịrị ha, ka ha abụọ nọdụ ala, ma dozie ya n'onwe ha wee ghara ịkọrọ ndị obodo ọlụ gbara ha. Mgbe o kwuchara nke a, ọ gwa ha na mkpụrụ okwu na-abara onye matara ihe uru, ma ha lezie anya nke ọma, n'ihi na ọ bụghị mgbe mmiri na-ezo, ka ọ na-edebanye n'ime ala.

Nnajiọfọ wee kwe ya n'aka ọzọ, kelee ya ekele nke ukwu, dị ka ịhụ n'anya o nwere n'ebe ha dị, nke mere ya ka ọ bịa hụ na ha na-ebi n'udo. Ọ gwa kwa ya na ihe nile ahụ mere eme, bụ aka ajọ onye ahụ bụ ekwensu, ma osisi a dịghị egwu nwoke n'anya ugbo abụọ. O kwuo na nke mere eme bụ ihe nkuzi, na ugbu a, ha amụtala ihe nke ha na-agaghị echefu. O kwe ya oke mkwa na malite n'ụbọchị ahụ, ọ dịghị okwu ọ bụla ga-adapụtara ha, imenye ha oke ihere n'ihu dị ka anya ha abụọ hụrụ n'ụbọchị ahụ.

Nnajiọfọ kpọọ Osuinyi aha, ọ zaa ya. O wee gwa ya biko ka o kelee Izugbeakụ ekele n'ihi aha ya. O kwuo na n'ụbọchị ahụ ka ya matara nke ọma, otu o siri hụụ ya n'anya. O kwuo na ọ na-adị mma ka olu sụọ n'ala, ma ya ejila eji.

Osuinyi wee sepụta aka ya ọzọ kwee Izugbeakụ n'aka, Izugbeakụ wee sapụta ihu ọchị, n'ihi na e kwuo na nwanyị siri ofe dị ụtọ, o were obi ya kwuo na ọ bụrụ na ya tinyere

ya azụ ịsha buru ibu, na mmadụ a ghaghị ịtabiri mkpịsị aka ya. Osuinyi gwa Izugbeakụ na onye mmadụ gwara ya jide ihe ahụ o ji, nke ahụ pụtara na omume ya dị mma, n'ihi ya na ihe ya ga-agwa ya bụ ya jide ka o ji.

Izugbeakụ kwe ya, kelee ya ekele otu o siri buru ha n'obi, ma kwuo na ọ bụ aka dị onye ọ bụla mma, ka ọ na-ehinye n'isi, ma ọ bụrụ na ihe nile amalite n'ụbọchị ahụ wee dị mma, ụra emebighị anya. O kwuo na n'akụkụ nke ya, na ya na-achọ ihe ga-adịrị ụlọ ha mma, na ike a gaghị kwa agwụ ya ijisi ike na-eme otu ahụ, ma ọ bụ mee karịa ka ya na-eme n'oge gara aga. O kwuo na obi ga-adị ya mma, ma ọ bụrụ na di ya amata na ya achọghị ihe ga-eweta ise okwu n'ụlọ ha, kama na ya chọrọ udo na ịga n'ihu. Ọ bụrụ na ha ewere obi ọcha taa nanị akụ n'ụlọ ha, ọ dịghị onye ga-amata na ha erighi anụ na azụ. O kwuo na nke ahụ bụ ihe ya chọrọ na ndụ ya fọdụrụ afọdụ.

Osuinyi kelee ya ekele, kwuo na ọ bụ ihe dị otu a, ka ya chọrọ na ndụ ya, n'ihi na ekwuo nke ọma, ehie n'ute, nke ọzọ, ndị di nta tụọ alo ọma, ha egbuo anụ a mara aha ya. O wee bilie, chịkọrọ ọgọ-enwe-ute ya pịa n'ubu ya, were oji ude aga, oji ude ala ya gwa ha na ya alaa n'ụlọ ya, n'ihi na ije ụtụtụ pụrụ a dịla anya. Ha kelee ya, ma gwa ya laa n'udo. O wee gaa meghere ụzọ pụọ, mechie kwa ya.

# 3

Mgbe Osuinyi hapụrụ ha wee laa, Izugbeakụ kpọọ Nnajiọfọ wee gwa ya na ọ bụrụ na eguzoro ọtọ wee gwujie ji, a-nọdụ ala wee chọwa ọdụdụ ya, n'ihi ya, na ya chọrọ ka ha kwuo ihe banyere ịlụ di Erimma, ka ọ ghara iwetara ha ise okwu ọzọ.

Nnajiọfọ kwachaa akpịrị ya, kelee ya nke ọma, wee gwa ya na o kwuru ihe dị mma, n'ihi na mmadụ a dịghị ahụ ihu ji, wee sụọ mbazụ n'ala efu. Nnajiọfọ gwa ya na ọ hụla otu Erimma bụ otu nwa nwanyị ha mụtara siri eto wee jiri mma kpaa amụ. O kwuo na n'ọtụtụ abalị, ụra a dịghị atụ ya, mgbe ya na-eche oke echiche banyere Erimma. Ihe wetara echiche ndị a, bụ na ya na-atule n'obi ya ma nwata ahụ ọ bụ kwa nwa ọma.

Ma ọ dị otu ihe ya chọrọ ka ya hụụ na o meghị na ndụ ya. Ihe ahụ bụ ịhụ na ndị okorobịa e mebighị Erimma. Ọ gwa ya na ya tinyere anya n'ime mmiri wee hụụ na ndị okorobịa a dịghị ekwe ka ada ha ahụ zuo ike. Mgbe ọ na-aga n'ọhịa nkụ, ha na-esota ya. Mgbe ọ na-echu mmiri, ha ejikere soro ya chuwe mmiri. Ọ dịghị mgbe ọ bụla ha na-ekwe ka nwata ahụ tụọ ume ndụ. O kwuo na ọ bụ ya mere ya jiri jụụ kpaa aka na ntị, na anya ya a gaghị ahụ ntị ya.

Nnajiọfọ gwa Izugbeakụ ka ọ were ire gụọ eze ya ọnụ, nanị ma ọ chọrọ ka ha kwọọ aka wee tiere ọkụkọ akụ. Izugbeakụ bulie ihu ya elu wee butuo ya ọzọ, maa ọsọ ma fee isi ya kpaka kpaka. O wee gwa Nnajiọfọ na ya hụrụ ihe ahụ ọ na-ekwu, kama na otu ihe bụ uche ya, bụ na ha a gaghị ejiri na ọkọ na-akọ wee kọfụọ ahụ. Ọ bụ ihe chọrọ oke echiche. Ọ bụghị kwa ihe mmadụ ga-eji ọkụ ọkụ wee mee, ka ha ghara ime ihe ha ga-eri arịrị n'ihu.

Nnajiọfọ gwa Izugbeakụ na ọ matara nke ọma na ha mụtara nanị otu nwa nke bụ nwanyị. Ọ bụ n'aka nwa ahụ, ka uche ha nile na ịga n'ihu ha na iri ihe na erighi ihe n'oge ha ghọọrọ agadi dị. Ọ bụrụ na ha ehie aka n'anya wee chọta ọgọ ọma ga-echeta ha, ụbọchị ga-adịrị ha mma n'ihu, ma ọ bụrụ na ha ahapụrụ ndị amaka-ekwu juputara n'obodo ha ka ha mebie ada ha, ọ ghaghị ịghọ ha ahịa. O kwuo na otu ihe ya agaghị anọ ndụ wee hụụ, bụ na Erimma tụụrụ ime wee mụọ n'ụlọ ha, nke bụ ihe alụ n'obodo ha nile.

Izugbeakụ kwee n'isi, gwa ya na ihe ahụ nile o kwuru bụ ihe kwesịrị ekwesị, n'ihi na eziokwu a dịghị agbagọ agbagọ, kama na ihe bụ uche ya, bụ ka ha chee oke echiche banyere okwu ahụ, n'ihi na onye nwere otu anya a dịghị atụ oge aja. "Ugbu a, achọrọ m ka anyi lezie anya n'ije Ikenna biara n'ulo a wee kwuo na ya chọrọ ilụrụ ada anyi." Ọ gwa ya na ndị nwoke na-ele anya n'elu n'elu ma ndị nwanyị na-etucha ihe dị omimi. Ọ gwa ya na ntị ya ejula na ịnụrụ akụkọ gbasara Ikenna. Ọ bụ ya mere ya jiri kpaa aka na ntị, kwuo na ada ya a ghaghị ebiri n'ụlọ Ikenna. Ikenna a bụghị onye ga-eleta nwunye ya anya nke ọma. Ikenna gaa lụrụ nwunye ọzọ, ọ gaghị alụrụ Erimma.

Nke ọzọ, Ọzọekwe bụ onye na-abịa kwa ụbọchị n'ụlọ ha, abụghị onye ahịa. O letaghị nne ya anya nke ọma, nwanyị mụrụ ọmụmụ wee nwụọ n'oke agụụ. Olee otu i chere na ọ ga-eleta Erimma anya nke ọma, ma ọ bụ cheta na ya nwere ọgọ nwoke na ọgọ nwanyị? Erimma jiri mma kpaa amụ. Ndị nwoke a dịghị ejiri anya ahụ ihe dị mma. Ọ bụ ya mere ha jiri abịa kwa ụtụtụ na ehihie na-enye ha nsogbu. Ọ bụghị olu e jiri biri ego, ka e ji akwụ ya. Mmadụ ji anya mata ọka chara acha, ịga tupuo ya bụ nanị ụsa.

Nnajiọfọ gwa ya na ya anụchaala ihe nile o kwuru, kama anya ga-egbu ha ukere ka ha hụụ na ọlụ ha alaghị n'iyi. O kwuo na ọ dị mma ka ha kpọọ Erimma dụọ ya ọdụ, ka o lezie anya ya nke ọma, ka ọ ghara ịdanye n'aka ndị nwoke na-enweghị isi na ọdụ. Ha abụọ kwekọrịta, Nnajiọfọ wee kpọọ Erimma.

Mgbe ọ bịara, ọ gwa ya na o jiri anya ya abụọ hụụ ihe mere n'ụbọchị ahụ, nke ọ bụ ihe gbasara ya wetara ya. Ọ gwa ya na ugbu a, ha emeziela okwu ọ bụla dịịrị ha, kama na ihe ha chọrọ ime bụ ka ha chinye ya akpa uche. Ọ gwa ya na ọ matara nke ọma na ọ bụ ya bụ nanị mkpụrụ anya

ji isi ụgwọ, n'ihi ya na ha a gaghị achọ ka ọ laa n'iyi, ma ọ bụ ka ọ ghara ịbara ha na onwe ya uru nke ọma.

Ọ gwa ya na ọ bụ nanị anụ nwere ndidi na-aṅụ mmiri ọma, nke ọzọ, ọ bụ ndidi ka ebi-nta jiri amụ nwa ogwu juputara n'ahụ. Ọ bụ ezie na o toputara agbọghọ, ara dị ya n'obi, ndị nwoke na-achụgharị ya n'ezi na n'ụzọ, na-enye ya oke nsogbu, ma ọ dị mma ka o jiri oke akọ na uche na-esota ha, n'ihi na ndị nwoke na-aghọrọ ndị nwanyị oke ọnwụnwa. Mgbe ụfọdụ, ha were ihe ha chọrọ, ha agbalaga wee hapụ nwanyị ka ọ tawa oke ahụhụ o tinyere ya n'ime ya nanị ya. O kwuo na ọ bụ ya mere, ha jiri kpọọ n'ubu mgbe ha hụrụ otu ndị mmadụ jiri enye ya nsogbu, nke ahụ wee pụtara ha okwu, nke ọ hụrụ.

Ọ gwa ya na otu ihe ha chọrọ ịhụ na ọ na-eme, bụ na ọ dịghị ege ntị n'olu ndị nwoke na-atọ ụtọ ka mmanụ aṅụ, n'ihi na okwu ha nile bụ okwu iduhie, ịghọgbute na itinye mmadụ n'ime ihe jọrọ njọ, nke ga-edunye onye ahụ n'ịta oke ahụhụ. Ọ gwa ya na nwoke ọ bụla nyere ya nsogbu ọ na-achọghị, ya bịa kọrọ ha, ka ha mara ihe ha ga-eme. Ma onye ọ bụla chọrọ ịlụ ya, ya bịa hụ ha anya.

Mgbe o kwuchara nke a, Izugbeakụ bulite nke ya wee gwa Erimma ka o dota ntị n'ala wee nụrụ ihe ha na-agwa ya nke ga-abara ya uru. Ọ gwa ya na ha a dịghị abara ya mba, kama na ọ bụ okwu ndụ, nke nne na nna hụrụ ada ha n'anya na-agwa ya, ka ha na-atụpụrụ ya, ka o were ya mee ihe. Ọ gwa ya na ọtụtụ mgbe, ọ na-eji ntị ya anụ ihe banyere ndị tụrụ ime n'ụlọ nne na nna ha, ma ha enweghị di. Ọtụtụ mgbe, ndị tụrụ ha ime na-agọ agụgọ wee hapụ ha ka nanị ha taa ahụhụ dịiri ha. Ihe dị otu a, bụ ihe ọjọọ, nke ha chọrọ ka ọ ghara ime ya.

Ma ọ ga-ehi aka ya abụọ n'anya n'ezi na n'ụlọ, otu ndị ahụ nile na-enweghị aka ọlụ wee na-achọ onye ha ga-etinye n'ọkụ ebighị ebi, siri esota mmadụ ka nkịta na-eso nwata rijuru afọ n'azụ. Ọ gwa ya sị, "Mgbe ọ bụla mmadụ na-enye gị oke nsogbu, tie oke mkpu, gwa ya gaara onwe ya. Ọ bụrụ na onye ahụ chọrọ ịlụ gị, ya gaa hụ nne na nna gị na ọ bụghị okwu dịiri gị. Ma ọ na-ekwu n'elu, ma ọ na-ekwu n'ala, hapụ ya pụọ."

Nnajiọfọ gwa ya sị na ọ matara nke ọma na ọ bụghị okwu ọ bụla nwoke na-agwa ya na-esite n'ime obi ya apụta. Mgbe ụfọdụ, onye ahụ na-eche otu ihe, ma were ọnụ ya

na-ekwu ihe ọzọ. 11/23

Izugbeakụ gwa ya sị, "Nke ọzọ, ị ga-ehi aka n'anya otu i siri emeta ndị enyi nwanyị, n'ihi na ndị nwoke nwere ike ghọgbuo gị site n'aka enyi gị. Gị mata nke ọma na ajọ enyi na-ewetara mmadụ ajọ omume na ajọ aha. Nke ọzọ, nwoke nwere ike iriọ otu agbọghọ, nye ya ego, ka ọ kpọgara gị ya. Ọ bụ ya mere i ga-eji hie aka n'anya, n'ihe ọ bụla i na-eme, na ndị enyi nwanyị gị metara, ka ị mata ma ha bụ ndị ga-abara gị oke uru, ma ha bụ ndị ga-eduhie gị. Ị nụrụ ihe anyị gwara gị?"

Erimma zaa ya, "Anụla m."

# 4

Izugbeakụ ehiela aka n'anya ịzụpụta Erimma nke ọma, ka ọ ga-abụ na ọ lụọ di, ka ọ na-eme ihe nile ya na-eme. O wee chọọ ka o kuziere ya otu ndị obodo ahụ siri esí ihe dị iche iche. Erimma amụtala otu e si esi ofe onugbu, ọgbọnọ, egusi, ọkwụrụ na ofe nsara. Ọ mụtakwala otu ha siri esi nri ọka, ma ọ fọdụrụ ụzọ ihe ole na ole Izugbeakụ chọrọ ka ọ mata nke ọma. Otu n'ime ha bụ otu ndị obodo siri agba ncha.

N'otu ọnụ ụtụtụ, Izugbeakụ gwa ya na ha ga-aga n'ubi akpụ ha. Ha abụọ chịkọrọ abọ ha, were nma tinye n'ime ha were ajụ ha tụkwasị n'isi, tụkwasị abọ n'isi ha wee gaa. Ubi akpụ ha kọrọ n'afọ gara aga dị akịrị ụkwụ abụọ, ma ọ bụ karịa. Ha were site n'ụzọ Ọfịọkụ gaa n'akụkụ mmiri Ọzọwata wee rute n'agụ aha ya bụ Onye-marakaọdịya. Nke ahụ bụ agụ dị n'etiti obodo ha na obodo ọzọ. Mgbe ha rutere n'ebe ahụ, ha gara n'ọhịa n'ọhịa were ruo n'ubi ha.

Ha butụo abọ ha dota n'ala wee malite ịbụpụta ukwu akpụ ha. Akpụ ndị ahụ nile ruru eru nke ukwu, n'ihi ya ha nwere ike ibula ukwu anọ nanị. Ha wee chịrị ha wụnye n'ime abọ ha, ma chịrịkwa osisi akpụ ahụ tụkwasị n'elu abọ ha wee kee ha eriri nke ọma. Ha wee buru abọ akpụ ahụ laa. Mgbe ha rutere n'ụlọ ha, ha gaa sie ofe ha n'ọkụ, ma sie mmiri ọkụ wee mee garri. Mgbe ahụ, erimeri adaala, ha nile ma Nnajiọfọ wee rie.

Izugbeakụ gwa Erimma ka ọ gaa chịkọta nkụ, ka ha were sie akpụ ahụ. Erimma mee dị ka ọ gwara ya. Izugbeakụ gbujie akpụ ahụ nile mkpirisi, mkpirisi wee kuru mmiri sachaa ha wee wunye ha n'ime ite ukwu ha jiri esi ihe oriri, ma dọkwasị ya n'ekwu ọkụ wee menwuo ọkụ. Erimma na-ele

ya anya nke ọma otu o siri eme ihe ọ bụla ọ na-eme.

Mgbe ọ bụla ọ chọrọ ịga lee ma akpụ ahụ o gheela, ọ na-agwa Erimma ka ọ bịa ya nso wee hụ. O ruo mgbe ọ hụrụ na akpụ ahụ egheela, ọ gwa Erimma ka ọ fọda ite ahụ n'ala wee wụpụta mmiri dị n'ime ya. Mgbe o mechara nke a, ọ kpasaa akpụ ahụ n'ala ụlọ ha ka ha foo ọkụ.

Izugbeakụ gaa chịkọta iko azụ gbam-gbam ọ kpọpuru akpọpu nke o na-eji ekpe akpụ wụsa, wee gaa buru oche nwanyị nọdụrụ ọkwu ya nọdụ ala. Mgbe ahụ, ọlụ amalitela. Erimma na-ele ya otu ọ siri ekpe akpụ ahụ wee mụta, soro ya wee na-ekpe ha. Nke ọ bụla o wetara, o were nma fụchapụ mgbịrịgbọ ya, tupu ọ malite ikpe ya. Akpụ ha na-ekpepụta wee na-aga wara-wara. Obi dị Erimma ụtọ na ọ matala otu e siri ekpe akpụ.

Mgbe ha kpechara ha nile, Izugbeakụ wụnye ha n'ime nkata ukwu ha wee jiri akwụkwọ ogede machie ya ọnụ wee jiri eriri kechie ya nke ọma. O ruo n'oge ndị na-akụ mmaị abalị jiri aga n'iyi, ha buru nkata akpụ ahụ, ma were ite ha ga-eji kute mmiri gaa na mmiri Ọzọwata wee dọnye nkata akpụ ha, ma kuru mmiri ha lọta.

N'ọnụ ụtụtụ echi ya, ha were ite ha ga-eji kute mmiri gaa n'iyi ka ha bulata akpụ ahụ. Mgbe ha rutere n'ebe ahụ, ha hụrụ ọtụtụ mmadụ ndị ọzọ na-asa akpụ nke ha dọnyere n'ime mmiri ahụ. Ha nile kelerịta ibe ha. Izugbeakụ wee gaa bupute nkata akpụ nke ha n'ebe ọ dọnyere ya n'oge abalị. O wee sachaa ya nke ọma, Erimma na-ele ya zii ka atụrụ. Mgbe o mechara nke a, ha chinye mmadụ ole na ole akpụ, bụ ndị enyi ha, ndị bịara ikuru mmiri, tupu ha kuru mmiri. Erimma buru nkata akpụ ahụ, ma nne ya butere ite mmiri, ha na ndị ọzọ wee kọrọ akụkọ laa.

Mgbe ha rutere n'ụlọ ha, Izugbeakụ butuo ite mmiri ahụ dọta, wee nara Erimma nkata akpụ ahụ, chịpụta nke ha ga-ata. Ọ matara nke ọma na akpụ dị mmiri bụ nwa uriom ọkụkọ nke e ji adọta nne ya, n'ebe Nnajiọfọ dị.

Izugbeakụ gaa butuo atụpe ukwu ya wee wụnye akpụ ahụ nile, ma kpasaa ya nke ọma, wee buru ya gaa dota n'elu akpata ha gwuru n'ihu iro, n'ebe anya mmadụ nile ga-erute n'ịchụ ọkụkọ ọ bụla ga-achọ ka ọ wunyere ha aja n'ime garrị. Nnajiọfọ gaa kwatuo isi akụ bekee abụọ, gbuwaa ha wee ghụpụta ihe dị n'ime ha, wee berie ha wụnye n'ime ọkụ. Izugbeakụ wụnye akpụ mmiri ahụ n'ime ọkụ ahụ wee

tanye mmiri n'ime ya. Ha nile buru oche gaa ọkụ ahụ gburu gburu. Mgbe ahụ, erimeri ehihie adaala. Anwụ nile kere n'ụbọchị ahụ wee kpọọ akpụ ahụ nkụ.

N'oge abalị ya, Izugbeakụ buru akpụ ahụ dota ya n'elu uko ụlọ ha. Ha sie nri abalị rie wee gaa hie ụra abalị. N'echi ya bụ ụbọchị ukwu n'obodo ha nile. Ọ bụ ụbọchị Nkwọ ukwu, nke ndị obodo ahụ hụpụtara ka ọ bụrụ mgbe ha jiri ezuru ike ọlụ ha nile n'izu. N'ihi ya, ndị obodo ahụ na-esi ihe oriri dị ha mma, bute ite mmaị ole na ole wee kpọkọta ndị enyi ha, gwa ha bịa izu ike n'ụlọ ha.

N'ọnụ ụtụtụ ya, Izugbeakụ jikere ịgba akpụ ncha ahụ. O nwere ngụ ọ kpọrọ aghịrịgha akwụ ọkụ wee nweta, nke o dotara ijiri wee gbaa ngụ. O wee gaa bute ite ekpuru ochie n'ebe ọ wụnyere ya. Ọ gakwara bute ite mmanụ ọ sụrụ dota n'ijiri gbaa ngụ ahụ, wee gwa Erimma ka ọ gaa sie ya n'ekwu ọkụ, ma ọ gwara ya mee ka ọ ghara igba goro goro ka mmiri. E mesia, ọ wụnye mmiri n'ime ọkụ, wee wunye ngụ ahụ, gbagharịa ha nile. Ọ gaa weta akpa ọ ga-eji zaa ngụ ahụ dota wee ghọta ose nwa-ụtọrọ wụnye n'ime ọkwa ukwu ha, ma o tinyeghị nnu n'ime ya. O wee sụọ ose ahụ nke ọma, were ọnụmọnụ ọkwụrụ, ma ọ bụ ọkwụrụ mipụtara ọhụụ tinye n'ọkwa ahụ wee sụọ ha nile nke ọma.

Mgbe o mechara nke a, ọ gwa Erimma ka o jiri nwayọ wee zanyere ya mmanụ ahụ n'ime ọkwa ahụ. Erimma mee dị ka ọ gwara ya wee ruo mgbe ọ gwara ya na o zuela. Izugbeakụ were eku osisi na-akpagha ha nile n'ime ọkwa ahụ, ma gwa ya ọzọ ka ọ zanyere ya ngụ ahụ. O wee gaa bute ngụ ahụ wee zanyere ya. Mgbe ọ na-akpagha kwa ya, ọ gwa ya ọzọ ka ọ gaa wetara ya ogiri isi, ma ọ bụ ogiri ụgba, nke ga-eme ka ihe ahụ ọ na-esi wee kpoo oṅe, o wetara ya, gbaghepụ akwụkwọ ya wee tinye ogiri ahụ n'ime ọkwa ahụ. Izugbeakụ wee na-agba ngụ ahụ, ruo mgbe ọ dị mma nke ọma, ọ hapụ ya.

Erimma jụọ ya olee ihe mere na ọ chọghị ijiri mmanụ gbara goro goro dị ka mmiri wee gbaa ngụ ahụ. Ọ zaa ya na mmanụ gbara goro goro na-eme ka ngụ ahụ gbabọọ, ma ọ bụ ghara ịdị mma nke ọnụ ga-anara nke ọma. Erimma kwee n'isi, n'ihi na ọ mụtala otu e si agba ncha. Ihu ya bụrụ nanị ọchị ọchị.

Izugbeakụ gaa bute akpụ ahụ, wee chịpụta ha wunye n'ime ọkụ mmiri dị n'ime ya. Mgbe ha dere ede nke ọma, ọ

gụpụta ha wụnye n'ime nkata ka mmiri dị n'ime ya gụchapụ. E mesịa, o buru akpụ ahụ wụnye n'ime ọkụ ngụ ahụ, tinye nnu wee gwọkọta ha nile nke ọma. O wee gaa wepụta nko azụ ọ zụtara n'ahịa n'ụbọchị Afọ wee nyarie ya, wụnye ha nile n'ime nkata ọzọ.

Ha wee kuputa nke ha, were azụ nke ga-erute ha, Nnajiọfọ soro ha wee taa, tara kwa iko mmai ole na ole di ka ha choro wee ṅụọ, ma hapụrụ ndị ha kpọrọ akpọ ka ha rie ndị fọdụrụ, ma ṅụọ mmai fọdụrụ, mgbe ha bịara n'ụlọ ha. Erimma wee gbaa n'aka, gwa nne ya na ha aghaghị ịgba abacha ncha ahụ mgbe ọ bụla, ka ya wee mụtachaa nke ọma otu e si agba ya, ma ihe o nwere n'obi bụ na ịhe oriri ahụ dị ụtọ nke ukwu.

# 5

Onye mmadụ na-agbara ama, o wee na-aṅụ oke ọṅụ, ma na-agbali egbe n'elu igwe, onye a na-etu ohi okwetala? Nke a bụ ajụjụ dịịrị nne na nna Erimma, n'ihi na ha ajụghị ya, olee ihe bụ uche ya n'ihe gbasara ịlụ di ahụ. Ma Erimma weere oke nkume kuchie obi ya, ma na-achị ha ọchị n'ime obi ya, n'ihi na dị ka o chere n'obi ya, ọ dịghị onye ga-agwa ya nwoke ga-alụrụ ya. Ọ na-ekwu n'uche ya na onye chere na ya nwere ike ime ya ka ya lụrụ onye na-abụghị uche ya, na-achọ mpi atụrụ.

Uche ya gwara ya na ọ bụ n'oge ochie, ka nne na nna na-eji ike, ime ka ada ha lụrụ onye bụ obi ha, ma ọ dị ya mma, ma ọ dịghị ya. Ọ na-atụle n'uche ya, na ọ bụghị ihe nne na nna na-eburu n'uche ha, mgbe ha na-achọtara ada ha di, ka agbọghọ na-ebu n'obi mgbe ọ na-ahọpụta onye ọ chọrọ ka ọ lụrụ ya.

Nke mbụ, nne na nna a mataghị na ọ dị ihe a na-akpọ ịhụ n'anya, nke na-aghaghị ịdị n'etiti nwoke na nwanyị, na ịhụ n'anya ahụ e nweghị nke ga-adị nta karịa ibe ya. Ha amaghị na ịlụ di na nwunye kwesịrị ka ọ gụọ mmadụ abụọ chọrọ ịlụ ya agụụ, ka ịhụ n'anya ahụ wee dị, nke ga-eme ka ịlụ di na nwunye ahụ gaa n'ihu, ma bụrụ ihe ndị mmadụ jiri ama atụ n'obodo. Ịhụ n'anya ahụ dị oke mkpa, n'ihi na nne na nna na-enye nwoke ada ha, ma ọ dị ada ha mma n'obi, ma ọ bụ na ọ dịghị ya, a gaghị esoro ha laa n'ụlọ ha ga-ebi dị ka di na nwonye. Erimma chere na ọ bụ ihe dị otu a, mere di na nwunye jiri agbasa, mgbe oge na-adịghị anya ha lụrụ di.

Nke ọzọ, ọtụtụ mgbe, nne na nna na-ejiri n'ihi ụlọ ọlụ nwoke chọrọ ịlụrụ ada ha na-alụ wee kenye ya agbọghọ ahụ.

Ha a dịghị amata ego ole ndị ọlụ na-akwụ nwoke ahụ, akwụkwọ o nwere nke o jiri alụ ọlụ ahụ, na ịmata nke ọma ma ọ dị kwa ịga n'ihu nwoke ahụ ga-enwe n'ime ọlụ ya.

Nke ọzọ, nne na nna na-eji ka ha nara ego isi ada ha wee mee ka nwa ha lụrụ di, mgbe ha na-achọpụtaghị nke ọma, ihe banyere omume nwoke ahụ, ma ọ bụ kwa onye ga-eleta nwa ha anya nke ọma, ma ọ bụ kwa onye obi ọma, ka ọ bụ onye na-abaghị n'ọnụ ọgụ, nke ndị nwe ya tụkọrọ ego ka ha jiri lụtara ya nwunye. Nke a butere na mgbe ha gara biri dị ka di na nwunye, ike na akwa ekee nsị dị n'ibe ike. Mgbe ahụ, anya nne na nna ahụ eghere oghe, ịhụ ihe ha mere were tinye nwa ha n'ime ọkụ.

O zughi oke, mgbe nne na nna na-ekwu na ha matara nne na nna, ma ọ bụ ụmụ-nne nwoke ahụ chọrọ ịlụrụ ada ha, n'ihi ya na ọ ghaghị ịbụrụ ezi mmadụ. Nne na nna nwere ike ịbụrụ ezi mmadụ. Ụmụ-nne nwoke chọrọ ịlụrụ nwanyị ahụ nwere ike ịbụrụ ndị ọma, ma nwoke ahụ abụghị, n'ihi na otu nne na otu nna nwere ike mụọ ụmụ, ma ọ bụghị otu omume ka ha nwere.

Ihe ọzọ na-eduhie ọtụtụ nne na nna, bụ na nwoke chọrọ ịlụrụ nwa ha nwere ụgbọ-ala, ma ọ bụ na ọ na-eji ụgbọ-ala abịa n'ụlọ ha, ha elekwasị ụgbọ-ala ahụ anya. Ọtụtụ mgbe, ọ bụghị nke nwoke ahụ, kama ọ bụ nke ọ natara mmadụ ọzọ. Ha ekwuo na ha a gaghị ele onye jiri anịkịrịja bịa n'ụlọ ha anya, ma ọ bụ onye jiri ụkwụ bịa, kama ọ bụ onye jiri ụgbọ-ala. Ndị dị otu a, amataghị na nwoke chọrọ ịlụrụ nwunye nwere ike gaa n'ụlọ onye na-agbazinye mmadụ uwe, wee gbaziri ya, nara mmadụ akpụkpọ ụkwụ, okpu na ihe dị iche iche wee gaa ije dị otu a, ma ọ bụghị ọnụ e jiri biri mmadụ ego, ka e ji akwụghachi ya.

Erimma chere n'uche ya, na ihe banyere ịlụ di na nwunye bụ ọnwụ na ndụ nke gbasara ndị ahụ ga-alụ ya, n'ihi ya, ọ bụ ihe ndị ahụ ga-ekwekọrịta nke ọma, n'ebe ha matara nke ọma na ọ bụ ihe gbasara ndụ ha, na ịga n'ihu ha. Ọ bụ ihe ndị a nile mere o jiri achị ha ọchị n'obi ya, ma kwuo na ha a gaghị agwa ya ihe ya ga-eme.

Ma nke bụ isi okwu, nke Erimma nwere n'obi ya bụ na ya a gaghị alụrụ di mgbe ya na-agụchaghị akwụkwọ ya nke ọma. Ọ hụrụ n'anya, ma were ntị ya nụrụ, otu ọtụtụ ndị nwoke siri eme nwunye ha, ma ọ bụ nanị na ndinyom ahụ amaghị akwụkwọ nke ọma. Ọ bụ ihe dị otu a, ka o jiri dụọ

isi na ya ga-amụta akwụkwọ nke ọma, mgbe di ya na-alụ ọlụ, ka ya onwe ya na-alụ nke ya, ka ha nweta ego ga-ezuru ha n'ụlọ. Nke ọzọ, ka di ya ghara ijiri na ọ bụ nanị ya na-alụta ego wee mee ya ihe ọjọọ. Nke ọzọ, mgbe di ya mere ya imi-imi, aja-aja, ma ọ bụ mee ya ihe anya ya ga-eji hụụ ntị ya, ka ya nwee ike ịhapụ ya wee lụrụ di ọzọ, ma ọ bụ biri onwe ya wee na-enwe ego ijiri lezie onwe ya anya nke ọma.

Erimma kwuru sị, "Olee ihe m ga-eji lụrụ di ugbu a, ndị ọgbọ m, ha alụchaala? Ma ọ bụghị ka otu nwoke kpuchie m n'ụlọ ya wee mee m ihe anya m ga-eji ahụ ntị m, nke ga-eme ka Erimma bụ onye ndị mmadụ jiri ama atụ n'obodo a, dị ka onye mara mma wee ghọrọ unyi, ma ghọrọ onye churu echu n'ile anya? Ọ dịghị dibia ga-agwọta nke ahụ. M ga-agụ akwụkwọ, gaa ala ndị ọcha, ma ọ bụ nwee ikikere pụrụ iche, nke ga-enye m ugwu, ma mee ka nwoke ọ bụla ga-abụ di m, nye m ugwu dịrị m. Ma ọ bụghị otu a, ma ọ dị n'elu, ma ọ dị n'ala, Erimma a gaghị alụrụ di."

Ugbu a, uche Erimma apụtala ihe, ma nne na nna ya amataghị ndị a. Ndị mmadụ, ma ndị nkuzi, ndị ọlụ dị iche iche, ndị na-azụ ahịa na ndị na-alụ ọlụ dị iche iche, na-ezo ka mmiri n'ụlọ ha. Otu ihe ahụ ka ha nwere n'uche ha, bụ ka ha lụrụ ya. Otu mmadụ na-ala, onye ọzọ eburu mmaị na-abanye n'ụlọ ha. Obi dị nne na nna ya ọcha, n'ihi na onye nwere ahịa ọtụtụ mmadụ na-ekwe ọnụ ịzụrụ ya, na-ese ihu ka agbọghọ. Ma ha jiri uche ha wee na-agba ogige ka ha chọpụta onye ga-enyere ha aka nke ukwu, bụ onye ga-echeta ha dị ka ezi ọgọ, mgbe ha ghọrọ agadi.

N'ụbọchị Nkwọ, bụ abalị atọ n'ihu, bụ mgbe otu nwoke dị oji, ma dị kwa ogologo gara gwa Nnajiọfọ na Izugbeakụ, ka ha chere ya n'ụlọ ha n'oge elekere anọ nke chi ojiji. Nwoke ahụ aha ya bụ Osita, na-alụ ọlụ n'ụlọ ọlụ okwu ahụ ike ndị obodo dị n'aka. Nne na nna Erimma agwaghị ya ihe onye ahụ jiri bịa. Ha echetaghị na a dịghị ezoro ala ozu, n'ihi na akụ fechaa ọ daara awọ.

Tupu Osita agaa ije ahụ, ọ dị otu nwanyị gbaara nwoke ahụ ezi ama, ka ọ gaa hụrụ agbọghọ ahụ, n'ihi na dị ka o siri kwuo, na ọ bụ ezi mmadụ. Ma nwoke ahụ dị ọgụ afọ na asaa chere echiche ka onye nzuzu, nke na-amaghị na a dịghị atọrọ nsịkọ na nzuzo, nke ọzọ, na a dịghị atụ ọkụkọ akpụkpọ. Ọ dịghị otu ihe ọ gwara Erimma, ma ọ bụ ajụjụ ọ jụrụ ya, ka o were mata uche ya n'ime okwu ahụ.

Nwanyị gbara ama ahụ bụ Urimma. Ọ hụrụ Erimma n'anya nke ukwu, bụ ihe mere o jiri foro ntutu ya taa, wee kwuo na otu ikwu ya a ghaghị ịlụrụ Erimma. Ha nile bụ otu obodo ka ha siri pụta, kama na ogbe ha dị iche, n'ihi na obodo ahụ nwere ogbe iteghete.

N'otu ụbọchị, mgbe Urimma gwachara Osita banyere Erimma, bụ otu nwata ahụ siri nwee obi ọma, bụrụ onye nwere ike ọlụ, dị ọcha, dị ogologo ma nwee imi kwụrụ kpụụ. Ọ gwara ya na eze dị Erimma n'ọnụ na-egbu zịzịzị, ahụ ya dị poto poto, dị lọtọọ, nke na-eme ka ndị okorobịa ghara ihi ụra n'abalị n'iche oke echiche otu ha ga-esi nweta ya ka ọ bụrụ nwunye ha.

Osita kwee n'isi, oke ọsịsọ dakwasị ya n'ahụ nile. O zie ume ya wee gwa Urimma ka o jisie ike gaa hụ nne na nna ya.

Mgbe Osita nọdụrụ n'oche ya, dụnye aka ya abụọ n'agba, wee na-eche oke echiche otu aka ya ga-esi kpara agbọghọ ahụ, oke ụra buru ya, nke mere na ọ mataghị mgbe Urimma jiri hapụ ya, buru ngwo ngwo ahịa ya pụọ, gaa n'ahịa. Ma Urimma buru n'obi ya na mgbe ya lọtara ahịa, ya agaa n'ụlọ Erimma wee hụụ nne na nna ya, ka ha nile kparịta ụka.

Mgbe Urimma rutere n'akụkụ ụlọ akwụkwọ ndị ọta-akara, o zutere Erimma n'ụzọ. Ha abụọ kelerịta ibe ha ekele, ma Urimma gwara ya bịa bie ya ọma, o wee mee dị ka ọ gwara ya, ma Erimma amataghị na ọ bụ nwa ọkụkọ ka Urimma jiri chọọ ka ọ dọta nne ya. Uche Urimma wee gbaa gburu gburu, o wee cheta ihe ọ ga-eme, ịjiri mee ka Osita hụ Erimma anya. O wee rịọ Erimma ka ọ gara ya ozi n'ụlọ ya, n'ihi na ya chefuru otu ihe. Erimma kwenye.

Urimma butuo nkata ahịa ya, tinye aka n'ime ya wee wepụta otụ mkpọ owu. O were ya nye Erimma wee gwa ya gaa n'ụlọ ya ka o nye ya otu nwoke aha ya bụ Osita. Ọ gwa ya ka o gwa Osita na ihe ahụ bụ owu ahụ ya na-achọ. Erimma nara ya, mee ngwa ngwa garuo n'ụlọ Urimma. Ọtụtụ mmadụ nọ n'ụlọ ahụ. O kelee ha ekele, ha kelekwa ya. O wee jụọ, olee onye ahụ aha ya bụ Osita. Mgbe ahụ, Erimma amataghị ihe mere Urimma jiri ziga ya n'ụlọ ka ọ gakwuru Osita, n'ihi na egbe a dịghị ebute ihe dị ya n'okpuru.

Osita wulie elu n'ụlọ ahụ ọ nọdụrụ n'oche wee pụta, lee Erimma anya, ma ọ mataghị onye ọ bụ. O were uche ya na-agba ogige, wee na-ajụ onwe ya n'ebe ya siri mata

agbọghọ ahụ dị mma ile anya nke wụrụ ya akpata oyi dị otu a. Ahụ Osita maa jijiji, n'ihi na a dịghị akọrọ onye isi na nnu a dịghị n'ime ofe, kama ihe a na-agwa ya bụ na mmanụ a tụghị ofe ahụ. Erimma wee jụọ ya sị, "Gị bụ Osita?"

Osita zaa ya sị, "Abụ m."

Erimma nye ya mkpọ owu ahụ, wee gwa ya na ọ bụ Urimma kwuru ka ya wegara ya, n'ihi na ọ bụ mkpọ owu ahụ ọ na-achọ. Ozi ahụ wee gbagwojuo Osita anya, n'ihi na ọ mataghị n'ebe mmiri siri banye n'ogu ụgbọgụrụ. O wee nara ya ngana ngana, ma were ire na-agụ eze ya ọnụ. Ma diochi na-anyụ ahụ n'elu nkwu bụ ọyị agadi nwanyị na-anyụ ahụ n'akụkụ ite ofe ya dị n'elu ekwu ọkụ.

Ugbu a, Erimma ewerela uche mata nke ọma na ya ezichaala ozi ahụ, na nke fọdụrụ bụ ịlaghachi n'ụlọ ha. O wee gwa Osita na ya chọrọ ịla n'ụlọ ha. Osita wee jụọ ya sị, "Biko chere, gị bụ onye?"

Erimma lee ya anya n'ihu, ihere juputa ya ihu. O were ihu ya tụda n'ala, ma were mkpụrụ ụkwụ ya na-ese ihe osise n'ala. Osita jụọ ya ọzọ. O wee zaa ya na ya bụ Erimma. Mgbe ahụ, uche Osita gbaa n'okwu ahụ Urimma gwara ya na aha onye ahụ ọ gwara ya.

Erimma achọsiela ike ka ya laa, n'ihi na mmadụ kporo nwanyị n'ụkwụ, uche ya agaa n'ụlọ uche agala. Nke ọzọ, ọ matara na ọ bụrụ na ya eguzoro, ọ ghaghị ịgwa ya bịa were ọjị. Ma ọjị ọ bụla nwanyị tara n'ụlọ okokporo na ihe na-ayị. O wee gwa Osita ọzọ na ya ga-ala. Osita gwa ya chere, biko. Ọ jụọ ya ọzọ sị, "Biko, olee aha nna gị?"

Erimma mumurịa ifurifu amụ, ma were uche ya kwuo na ikwe n'aka ahụ akarịala nku aka. O wee zaa ya sị, "Nna m bụ Nnajiọfọ." Osita tie mkpu, kwee n'isi, wee gwa ya na ya amatala nna ya nke ọma, ma na-ele Erimma anya zi-i-i, ka atụrụ. Ọ mataghị ihe ọ ga-agwa ya ọzọ, n'ihi na mma agbọghọ ahụ riri ya ọnụ. Mgbe nwa oge gara, ọ gwa Erimma ka ọ banye n'ụlọ, ka ya nye ya achịcha na mmaị. Erimma chịpụta ọchị, ma gwa ya na ya achọghị. Ma o jiri obi ya kwuo na o welitela ihe ndị nwoke jiri arata ndị nwanyị. O wee kpọọ n'ubu, zọlie ụkwụ ya, n'ihi na ewu gara dina ala, a ghaghị idina n'elu akpụkpọ ya. Osita lee anya n'elu, lee anya n'ala, kwee n'isi wee gwa ya laa nke ọma. Ma agbọghọ ahụ ọ na-agwa agaruola n'ọnụ ụzọ ezi ama.

Osita gaa were oche ya, echiche juputa ya obi. Ma otu

ihe dị ya oke mkpa, otu ọ ga-esi nweta agbọghọ ahụ nke riri ya obi, ka ọ ghọrọ nwanyị ya. Ma o riela nri, ma ọ bụ na o ribeghị, a bụghị ihe bịara ya n'uche, n'ihi na uche ya nile dị n'ebe nwata ahụ nọ. Ihe ahụ ka ọ na-atụgharị n'uche ya, mgbe oke ụra jiri bịakwasị ya. Ma n'ihe, ma n'ime nrọ ya, okwori bụ nanị ihe ahụ danyere n'ime mmiri, dị ya oke mkpa.

Mgbe o bilitere, ọ gwa nwa nne ya nke ukwu na ha aghaghị ịga n'ụlọ Nnajiọfọ, n'ihi na anya ya ahụla ihe ntị ya nụrụ. Mgbe ha gara, ha jiri otu ite mmai wee gwa nne na nna agbọghọ ahụ, ka ha chere n'oge elekere anọ nke chi ojiji n'ụbọchi Nkwọ. Ọ bụ ezie na nne na nna Erimma agwaghị ya okwu banyere ije ahụ, ọ hụrụ ndị ahụ bịara n'ụlọ ha, ma hụ kwa njikere nne na nna ya na-eme n'ihi ndị ahụ ga-abịa. Ma uche ya gwara ya na mgbe nne na nna ya gbachiri ya nkịtị, nke ọzọ, ọ dịghị ajụjụ pụrụ iche nwoke ahụ jụrụ ya, na ya ga-ele ha anya, ka ya mata ihe bụ uche ha. Ma ya onwe ya ekwuola n'onwe ya, ihe ya ga-eme n'ebe nne na nna ya, na nwoke ahụ chere echiche, na agwa mara mma, nanị ma ọ bụrụ eke tụrụ ya.

# 6

N'isi ụtụtụ ụbọchị Nkwọ, bụ ụbọchị Osita gwara nne na nna Erimma na ya ga-abịa n'ụlọ ha. Nnajiọfọ na Izugbeakụ biliri n'elu ihe ndina ha wee malite ịkpa imurimu ụka, otu ha ga-esi lezie onye ọbịa ahụ anya nke ọma. Mgbe ahụ ka ha chetara na ọ bụrụ na agbawo dike izuzu, a gbaa izuzu ahụ ugbo abụọ. Ha wee kpọọ Erimma, ọ bịa were oche nọdụ ala. Ha jụọ ya ma o hikwara ụra abalị nke ọma, o wee za ha na ya hiri ya nke ọma. Ugbu a, ka ha matara na ọ bụrụ na mmadụ nile kwuo okwu nke ọma, ha ehie ụra n'ute.

Nnajiọfọ wee gwa Erimma na agwọ otu onye hụrụ, na-aghọrọ eke, n'ihi ya ka ha jiri kwuo na a dịghị ezoro ala ozu, ma ọ bụrụ na a nyụọ nsị, wee ghara ịtụpị ya ọnụ, ọ ghọrọ otoro. Nke ọzọ, na mmadụ a dịghị ahapụ ịgba wee tiwe afọ, ma a kọchapụ nkịta akpị, wee hapụ igosi ya, ọ dị ka ọ bụ mbọ ka a tụrụ ya. Ma mgbe ọ na-atụ ilu nile ndị a, Erimma matara ihe mere o jiri na-agba okwu gburu gburu. Ma ọ na-eche ya ka o gbuwaa akụ bekee dị ka ndị Nsugbe.

Ma ọ na-abụ a gbawa mgba, akwa dị n'ukwu aghapụ n'ala. Nnajiọfọ wee gwa ya na ọ dị otu onye gwara ha chere ya n'ụbọchị ahụ. Ọ gwa ya na onye ahụ agwaghị ha ihe mere o jiri zie ha ihe ahụ, kama na ha chere na ọ na-achọ onye ọ ga-alụrụ dị ka nwunye. Ọ gwa Erimma na ha chọrọ ịmata uche ya n'ime okwu ahụ. Ma ya onwe ya aghaghị ịhụ onye ahụ mgbe ọ bịara, dị ka o siri gwa ha. Erimma lee anya n'elu ụlọ, ma letuo anya ya n'ala, kelee nne ya na nna ya, otu ha siri achọ ihe ga-abara ya uru, n'ihi na onye hụrụ mmadụ n'anya na-achọ ihe ga-abara ya uru. Ma ọ gwara ha na nwata malitere ibe akwa nanị mgbe nne ya lọtara ahịa, amaliteghị ibe akwa ahụ n'oge. Ọ gwa ha na otu ilu

kwuru na mmadụ a dịghị eji arịrịọ wee zụọ nwa ya. Ọ gwara ha na ha ga-ahụ ọtụtụ mmadụ ndị danyere n'ọkụ nanị na ha chọrọ ịlụrụ di ngwa ngwa, n'ihi nke a, na ya chere na ha ga-enwe ndidi, ka ha lezie anya nke ọma, n'ihi na ya erubeghị n'otu ndị agbọghọ kara ahụ n'ụlọ nna ha, bụ ndị akụkọ kọrọ na ha na-ese nse di.

Erimma gwa ha na ya ekwughị na ya a gaghị alụrụ di, kama na ihe ya na-arịọ ha bụ ka ha ghara ijiri ngwa ngwa wee rie mgbada amụ-ibi, n'ihi na iri anụ na-agụ ha agụụ. Ọ gwara ha ka ha cheta nke ọma, ihe mere n'izu ole na ole gara aga, nke mere ka ndị ogbe ha gbakọzuo n'ụlọ ha. O kwuo na ọ bụ ya kpatara ya jiri arịọ ha, ka ha ghara ịbụrụ agadi nwanyị dara ada ugbo abụọ, nke ndị mmadụ gụrụ ihe dị n'ime ụkpa ya ọnụ.

Mgbe o kwuchara nke a, Izugbeakụ kwee n'isi, lee Nnajiọfọ anya, ha abụọ lerịta onwe ha ugbo ole na ole wee zie ume. Nnajiọfọ chịa ifurifu ọchị na-esighị n'ime obi ya pụta. O tinye aka ya n'ime akpa ya, wepụta mkpọ ụtaba ya, kụọ isi aka nri ya n'elu mkwuchi mkpọ ahụ ugbo ole na ole, wee kwughe ya, mepụta ụfọdụ n'aka ekpe ya, wee kwuchie mkpọ ahụ tinye kwa ya n'ime akpa ya. O nweghị ihe o kwuru, wee mere nke mbụ kpọọ n'otu ibe imi, ma mere kwa ọzọ wee kpọọ n'ime imi ọzọ, ma fee isi ya kpaka kpaka, anya mmiri na-apụta ya n'anya abụọ pem, pem, pem.

O wee zie ume, kwachaa akpịrị ya ma gbachie nkịtị, n'ihi na mmadụ jiri iwe wee gbuo ọchụ, mgbe iwe lara, ọchụ a gaghị ala. Ma o kwuru n'uche ya na ọ bụ ehi ike gwụrụ, ka ndị mmadụ ji ọgbịrị adọkpụgharị. O wee gwa Erimma na ya matara nke ọma, ihe a na-eme ọna wee rie ya, ma ịgọ ọjị bụ nanị inye ya ugwu, n'ihi na a tawa ya, ọ gaghị ajụ na ya a gaghị adanye n'afọ. O kwuo na ya anụla ihe o kwuru, kama na otu ihe ka ya ga-agwa ya, na enwe kpụchara isi wee nyajie agụba, isi ya aghaghị itolite ọzọ. Nke ọzọ, na Ejiuche kwuru na okwu rutere okenye n'ime ntị, eruola ndị mmụọ ntị.

Ọ jụọ Erimma ka ọ gwa ya ma ọ bụ ya ga-eji aka ya wee họpụtara onwe ya onye ga-alụrụ ya, ka ọ bụ ha bụ nne na nna ya ka o kwesịrị ka anya ha họpụtara ya di? Erimma zaa ya na anya ka e ji amata ọka chara acha, n'ihi ya, na mgbe ọ bụla onye bụ ezi mmadụ bịara ịlụrụ ya, anya nile hụrụ ya, ga-eto ya.

Nnajiọfọ wee kwolie n'ike, tie aka ya n'obi, jụọ Erimma ma ọ bụ ya bụ nna mụtara ya, ka ọ mụrụ onwe ya, mere ọ ga-eji agwa ya okwu dị otu a? Okwu ahụ gbaa Erimma gam, n'ime ntị, nke mere ka oke ụjọ bịa ya n'ahụ. Nnajiọfọ hapụ ọnụ ya aka wee kwuo ihe ntị kwesịrị ịnụrụ, na nke na-ekwesighị. O kwuo na ya etozuola ikwu ihe ga-eme n'ụlọ ya, ma Izugbeakụ na ada ya ekweghị. O were iwe na oke olu kwuo na ọ bụ n'ihe gbasara ịlụ di Erimma, ka ya ga-egosi na ya tara oke ahụhụ wee lụọ nwunye, ma mụtakwa nwa, ma zulite ya. Ọ gwa Erimma na ọ bụrụ na o kwuru n'obi ya na ya a gaghị abara ya urū, na ọgwụ ahụ a gaghị atụ ya. Ma ya mata nke ọma, na ọ bụ ya bụ Nnajiọfọ ga-ekwu onye ga-alụrụ ya, ma ọ masịrị ya, ma ọ bụ na ọ masịghị ya.

Ugbu a, ihe a na-afụ apịala. Erimma gaa n'akụkụ ụzọ, ma jikere ịgbapụ ọsọ, wee kwuo na oge erubeghị, mgbe ya ga-eji lụrụ di, ma ọ bụrụ na ya agaghị mụọ akwụkwọ nke ọma. Ma o nweghị kwa onye ga-eke ya eriri wee kpụgara ya otu nwoke. O kwuo na ya achọghị di a sụọ e kporo.

Nnajiọfọ chụọ ya ọsọ, o wee gbapụ n'ezi. Nnajiọfọ hapụ ọnụ ya aka ọzọ, sị ya, "Agụ tawaa gị ọnụ n'ebe ahụ. Ihe ahụ i chọrọ, i gaghị ịhụ ya n'ụlọ m. Onye ga-eziga gị n'ụlọ akwụkwọ ọzọ? Jikere na ị ga-aga ala bekee. Nke ahụ a gaghị eme ka m nọ ndụ. Ka anyị lee anya."

Mgbe ahụ, Izugbeakụ bụrụ onye na-agwa ha majụọ, n'ihi na ọ bụ uche ka dimkpa jiri atọghe ngwugwu isi ya zoro ezo. Nnajiọfọ gwa ya na nwata chọọ ikporo nna ya n'ụkwụ, awọrọ ayọchie ya anya, ma a sọwara ọchụ, ọ bụrụ ụjọ. O kwuo na nwa na-adịghị ekwe ekwe, a ghaghị ikwe n'ute ekwere, n'ihi na ya matara ihe a na-eme ọna wee rie ya.

Izugbeakụ wee dapụ n'ala tie oke mkpu, anya mmiri na-aga ya pem, pem, pem, n'ihu. O kwuo sị, "O lee ihe m jiri isi wee bute, nke mere na e fowe ifo a ghaghị ifota mbe?"

Ojiokwu kwuru sị, onye ọ bụla chọrọ itigbu nwunye mmadụ, ya buru ụzọ tigbuo di ya, n'ihi na o meghị nke a, wee tigbuo nwanyị ahụ, ọ ghaghị ịhụ ọgụ anya. Mbekwu nke bụ anụ nwere uche karịa anụ nile, kwuru sị na ọ bụrụ na mmadụ agbaa nje wee bupuo ya n'ezi, ya agbaa nje laghachi azu. Ọ bụ ihe o jiri dị oke mkpa na Nnajiọfọ ga-eji akpa uche wee gbatịa ihe gbagọrọ agbagọ.

O wee banye n'ụlọ obi ya nọdụ ala, were obo aka ya abụọ bulite agba ya abụọ wee nọdụ ka mkpi. Echiche juputa

ya obi. Mgbe ọtụtụ oge gara, o zie ume, ma fee isi ya kpaka kpaka wee tado agba ya arụ. Izugbeakụ nọdụrụ n'ime ụlọ na-akwariri akwa. Erimma guzoro n'ezi, n'akụkụ aja ngwuru dị n'ọnụ ụzọ ama ha. Ọ dịghị akwa akwa, kama o guzoro na-ele ọtu ezi anya, wee na-eche echiche ihe ya na ha ga-eme n'ụbọchị ahụ.

Mgbe echiche bịara Nnajiọfọ n'uche, o bilie ọtọ were mkpọ ya, chịrị akwa ọgọ-enwe-ute ya gbokwasị na nku ubu ya wee tinye isi ya n'ezi. Mgbe ọ na-apụ n'ezi, Erimma na-ele ya anya ka ọ mata ọtu o siri aga ije, nke ga-egosi ya ma ọ dị oke iwe dị nna ya n'obi. Nnajiọfọ gaa, meghere ụzọ ama, pụọ wee mechie ya. Ọ dịghị ihe o kwuru, ma o leghị kwa Erimma anya n'ebe ọ nọdụrụ.

Erimma bilie ọzọ, gaa n'ime ụlọ n'ebe nne ya nọdụrụ, wee kpọọ ya, "Nne," ma na-ele ya anya ka ọ na-ehichapụ anya mmiri dị ya n'ihu. Izugbeakụ lee ya anya, ma ọ dịghị ihe o kwuru. Erimma gwa ya na ya achọghị ka nna ya na-agwa ya ajọ okwu ọzọ. Ọ gwa nne ya na ọ gbara ya gharị mgbe ya hụrụ na ọ na-ekwenyere nna ya n'okwu ahụ ọ na-ekwu. Ma ya mata nke ọma na ọ bụrụ na ya alụghị di ọma, n'ihi otu nna ya siri chọọ ka ọ lụgara ya otu nwoke wee nara ego, na ya a gaghị enwe ike ileta ya anya nke ọma mgbe ha mere okenye.

Izugbeakụ chịkọrọ akwa ya pịanye ya n'etiti ụkwụ ya abụọ, wee nọdụ n'ala, ma gwa Erimma ka ọ nọdụ ala, n'ihi na ya nwere okwu ya chọrọ ịgwa ya. Erimma wee gaa nọdụ ala, ma chịrị mkpụrụ anya ya abụọ wunye ya n'anya. Izugbeakụ gwa ya na onye ọ bụla jiri nwayọ na-aga, a dịghị emerụ ahụ. Ọ gwa ya gee ya ntị n'olu. Erimma wee kpọkwuru ka odu wee na-ele ya anya n'ọnụ.

Izugbeakụ gwa ya na ọ bụghị uche ya, n'okwu ahụ Nnajiọfọ kwuru n'ụtụtụ ahụ, ma ọ dịghị ihe ọ bụla ya nwere ike ime, n'ihi na ya bụ nwanyị ya. Ọ gwa Erimma na ọ hụrụ otu ya siri kpaa aka na ntị, n'ụbọchị gara aga, mgbe ha na-ekwu ihe banyere ya, ma omume ahụ wetara ha ihe ntị nụrụ wee zụọ wuru wuru. O kwuo na ọ matara nke ọma na nna ya abụghị onye na-ekwere n'ihe onye ọzọ tụpụtara, ma ọ bụghị nanị nke si ya n'obi pụta. Izugbeakụ gwa ya na Nnajiọfọ chọrọ ikenyere ya otu nwoke wee rie ego. Ọ bụ ihe ọ chọrọ ime. Ọ dịghị kwa onye ọ bụla ga-atụrụ ya echiche ọzọ, nke ọ ga-ege ntị n'olu ya.

Izugbeakụ gwa ya na mgbe ọ kpọrọ ya n'ọnụ ụtụtụ wee gwa ya ka ha gbarịta izuzu ihe ha ga-eme, ya gwara ya na o kwesịrị ka ha lezie anya nke ọma, ka ha ghara ịjiri n'ike n'ike wee dunye onye ọjọọ otu nwa ha mụtara. Mgbe okwu ahụ were Nnajiọfọ iwe, ọ chọọ ikwu okwu ọjọọ, ya mechie ọnụ ya n'ihi na anụ dị n'ọkụ nri, bụ nke mmadụ nile. Ugbu a, ihe ahụ ewetala oke aghara. Ọ gwa ya na ọ gaghị adị mma ka ya na nna ya kụnye aka gbubie, kama na okwu ya ga-agwa ya bụ ka o kwenyere ya, ma nwee ndidi, kama ha abụọ aghaghị ịkpakọrịta otu ha ga-esi mee ka agbọghọ ime mkpuke mebie ime.

Erimma kwee n'isi, ma gwa ya na ya anụla ihe o kwuru, kama na uche ya bụ na ya a gaghị anọdụ n'ụlọ ahụ mgbe nwoke ahụ ga-abịa.

Erimma gwa nne ya na mgbe a sọkatara eze anya, e kpuru nkata wee gwa ya okwu. O kwuo na ọ bụ ya mere ya jiri saghepụ ọnụ wee gwa nna ya okwu dị ka ya na-emebeghị, malite n'oge ọ mụrụ ya. Ma nke ya na-agaghị ekwenye, bụ ka nna ya were anya ike wee kpunye ya onye ọ bụla na-abụghị uche ya, ka ọ lụrụ ya. Ma mgbe ọ na-ekwu ihe ndị a, nne ya na-ekwe n'isi.

E mesịa, Izugbeakụ jụọ ya sị, gwa m ugbua, olee ihe bụ uche gị n'okwu nile ndị a, ka m wee mata ihe m ga-eme. Erimma kpọọ ya, wee gwa ya na ya akpụghị mmiri n'ọnụ wee na-ekwu okwu, na ihe bụ uche ya bụ na ya a gaghị eji anya ya abụọ hụụ nwoke ahụ nke nna ya kwuru na ọ ga-abịa n'ụlọ ha. Ọ bụrụ na nwoke ahụ abịa, nna ya nwere ike dunye ya nne ya, wee nara ego. Ma o meghị nke a, ya gaa nara ya ego, mgbe ọ mụtara nwa nwanyị ka o dunye nwoke ahụ ka ọ lụrụ na nwunye, ma ọ bụrụ Erimma, nke ahụ a gaghị eme.

Izugbeakụ jụọ ya sị, "Nwa m, bịa kọrọ m, olee n'ebe ị chọrọ ịga, mgbe o rutere n'oge nwoke ahụ ga-abịa?" Erimma wee chịa ifurifu ọchị, lee anya n'elu, wee letuo anya n'ala. Nwa oge wee gaa, ma o kwughị okwu, ma Izugbeakụ nọdụrụ na-ele ya zii. E mesịa, ọ gwa Izugbeakụ na ya chọrọ ịga kọrọ nna ya ochie ihe na-eme ugbu a, ma e leghị anya, na ya ga-anọdụ n'ebe ahụ wee malite ịga akwụkwọ ya wee ruo mgbe ya dị nna ya oke mkpa, na mgbe nna ya hụrụ na ọ dịghị uru ọ bara, bụ ime ya ma ọ dị ya mma, ma ọ bụ na ọ dịghị ya, ka ya gaa lụrụ onye na-abụghị uche ya, nanị ka

ya rie ego. Mgbe ọ na-ekwu nke a, nne ya na-ekwe n'isi.

Izugbeakụ gwa ya na ọ matara nke ọma na nna ya bụ onye oke obi, ya bụ onye na-akpa agwa n'iwe, ma mgbe iwe pụrụ ya n'obi, ọ malite ịma onwe ya ikpe.

# 7

Anyanwụ na-eke nke ukwu, ọkụ ala na-acha, oke ọsịsọ juputa onye ọ bụla n'ahụ. Ha dị mmadụ ise nọdụrụ gburu gburu n'ụlọ Ekwuigbo, na-egere afa ọ na-agba. Ha nile ejikọghị ọnụ wee bịa, n'ihi na onye ọ bụla n'ime ha bịara n'ụlọ ya ịgba afa n'ihi mkpa dị iche iche dịrị ya. Ma Ekwuigbo na-agbara ha afa ahụ n'otu, n'otu ma ha nile nọdụrụ na-anụrụ.

Ụlọ ahụ ọ nọdụrụ na-agba afa ahụ dị nta, n'ihi na ọ gaghị erite ihe karịrị mmadụ iri. Ọ bụ ụlọ e jiri akịrịka kpuchie elu ya, kama ahụ ụlọ ahụ bụ aja ọtọ e doro edo. Ụlọ ahụ gbaboro agbabo, n'ihi na ọ dịghị onye na-ete ya ete. Oche dị mma n'ile anya adịghị kwa n'ime ya, karịa ibe mgbo abụọ, mkpirisi osisi ọjị abụọ na otu oche nze, nke dibia afa ahụ jiri anọdụ.

Elu ụlọ ahụ juputara na ngwo ngwo dị iche iche, na ngwugwu dị iche iche e kere eke, wee makwụnye ha n'akụkụ dị iche iche. Ihe ndị ọzọ dị n'elu ụlọ ahụ bụ ugbene dị iche iche, ma nke ọkụkọ, ọgazị, toro toro, udele, ugo na ndị ọzọ. Isi-anụ dị ka nke ewu, ehi, mgbada, atụ na ebulu na nke anụ ndị ọzọ kokwasara n'elu ụlọ.

N'elu otu mkpirisi osisi a kụrụ n'aja ụlọ ahụ, ka dibia afa kosara akpa nwa-ehi ya na akwa ya dọkachara adọka. Otu okpu ata dị kwa n'akụkụ isi ụlọ. N'ọnụ ụlọ, n'ebe ndị mmadụ siri abanye, ọ dị ukwu nkụ a wara awa tọgbọrọ, na ọmụ mkwụ abụọ nke dibia ahụ kwotara ka o were kpaa nkata aja na nma oge tọgbọrọ n'akụkụ ya.

N'akụkụ ụlọ, otu mbubo mmai dị, na-agbọ ụfụfụ. Ụmụ ọkụkọ abụọ ndị mmadụ chọrọ ka o were chụọrọ ha aja ka e kere ụdọ n'ụkwụ, wee kedo ụdọ ahụ n'osisi ụkpaka

nke tọgbọrọ n'isi ụlọ. Mmadụ nile nọdụrụ n'ụlọ ahụ na-ele dibia afa ahụ anya zi-i-i.

Ihu onye dibia ahụ na-atụ mmadụ oke ụjọ ile anya, n'ihi unyi o tere n'ihu na nzu o tere n'elu iku anya ya abụọ. Ma ndị ọzọ nile nọdụrụ n'ụlọ ahụ tekwara nzu n'elu iku anya ha, na n'elu isi mbọ ụkwụ ha abụọ, dị ka o tere. Ma ihe dị iche n'etiti ha nile bụ na ndị ọzọ nọdụrụ ala n'oche, ma dibia afa ahụ nọdụrụ n'elu akpụkpọ mgbada, tie ngada wee na-agba afa ya.

Ndị ọzọ nile bụ ndị okenye nwoke anọ na otu agbara nwanyị kpakọrọ aka ha ka ndị oke oyi jisiri aka ike, wee na-ele ya ka isi anụ a kpụkpụrụ akpụkpụ, ma olu na-agba nwoke ahụ ka ụkwa dị n'ọkụ eju n'ekwu ọkụ, aka wee na-aghọ ya nkọ. Dibia afa ahụ chịrị ekpiri afa ya wụọ n'ala, lee ya anya nwa oge, wee chịrịkwa ya wụọ n'ala ọzọ, were ebu kụọ, wee kwuo na nwata ọsọ na-achụ o wee gbakwuru nne ya agbaruola na mma. Ọ bụ ya mere ndị a, jiri bịa ka ha jụọ ike-ji-ụwa ajụjụ, wee mata ihe dị omimi nke gbara ha gharị. Ike-ji-ụwa, ndị ichie ukwu na ndị ichie nta, unu ekwela ka ha laghachi n'ụlọ ha n'efu.

Ndị na-ahụ ụzọ n'abalị, ndị matara ihe dị nzuzo, bịa gere ndị a chọrọ ịhụ ihu ọma n'ahụ unu. Ezennaya bụ nna anyị ukwu, anyị na-ekele gị. Dunu bụ nwoke mụrụ ọmụmụ, nyere ụmụ gị aka, n'ihi na ọ dịghị onye ọzọ ha nwere ịjụ ase n'aka ya. Mee ihe ndị a, ka ha wee na-enwe nchekwube dị ukwu n'ife unu dị ka nna anyị na nne anyị ochie mere.

Dibia afa ahụ wee tụgharịa, gwa ndị ahụ gbara ya gburu gburu sị, "Ndị ụlọ anyị, ọ ga-adịrị unu mma." O were nzu tụọ ọzọ n'ala, chịrị ekpiri ya wụọ n'ala wee kwuo sị, "Okara turu, o turu mgbakwụ. Ije siri agwọ ike, n'ihi ya mere o jiri akpụ afọ ya n'ala akụkụ abụọ. Ọ bụ ezie, ọ bụ ihe mere eme. Ọ bụ ya, ọ bụ ya. Ezi okwu! E-e." O wee kwe n'isi, mie ọnụ ya.

"E rere ya ere? Eziokwu, olee ihe ụmụ okpuru ga-emekwa? Nke a bụ ihe e mere nwa nwa tolite ọ hụrụ. Ahụhụ ndị nna ha ochie dotara ha. Ha were tọrọ agbọghọ ume na ndụ refuo na anya ike, n'ihi na nne ya bụ ajadu enweghị ọnụ ga-ekwuru ya."

Dibia ahụ were ekpiri ya wụọ ọzọ n'ala, jide mkpirisi ọfọ ya n'aka wee tụgharịa, kpọọ otu nwoke nọdụrụ n'ebe ahụ nke aha ya bụ Ọchịọgba. Ọchịọgba zaa ya. Ọ gwa ya

na afa kwuru na ya chọrọ imere ya amara ma ọ bụrụ na o chegharịa. Ọ gwa ya na ihe nwe mmadụ chọrọrị ikpochapụ ezi na ụlọ ya kpam kpam, n'ihi na dị ka afa kwuru, na nna ya ochie sonyere otu nwoke aha ya bụ Ojeụga wee tọrọ nwa afọ, nwa ajadu bụ Ọdụnwa Anụta bụ agbọghọ ara juru n'obi wee refuo.

Dibia ahụ kwuo na ọ fọdụrụ nwa ihe nta, ka ụlọ ya ghọrọ ọhịa. O kwuo na ọkpara Ọchịọgba nwụrụ n'oge ọkọchị, bụ n'ihi otu ihe ahụ. Nwa-nne ya nwoke nwụrụ n'afọ ya gara aga bụ n'ihi ya. Nke ọzọ na-awị ara bụ kwa otu ihe ahụ. Ugbu a, nwa ya nwoke dara n'ọrịa aghaghị ịnwụ, ma nke a gasịa, ọzọ ga-anwụ kwa wee ruo na ọnwụ erutucha ihe nile na-eku ume n'ụlọ ha nile.

Mgbe ọ na-ekwu ihe ndị a nile, Ọchịọgba chịrị aka ya abụọ bulite ntị ya abụọ. Oke echiche juputa ya isi. Ahụ ya na-ama ziga ziga, ma nke kachasị ha nile bụ na oke ọsịsọ dakwasịrị ya n'ahụ, wee mee dị ka onye danyere n'ime mmiri wee rịpụta kwa ọzọ.

Ọchịọgba jụọ ya sị, "Biko Ekwuigbo, jụọ afa, olee ihe anyị ga-eme ka mmiri ahụ gbarụrụ agbarụ wee dochie ọzọ. Olee otu anyị ga-esi kwọrọ onye ukwu wara?" Ma ka ọ na-agwa ya okwu ahụ, ọnụ ya na-ama ririri, aka ya maa jijiji. O wee zie ume, taa ikikere eze.

Ekwuigbo kwee n'isi, na-ele ekpiri ya otu ezi anya. Mgbe Ọchịọgba kwuchara nke a, nwa oge gaa, Ekwuigbo chịrị ekpiri ya wụọ n'ala ọzọ, chịrị kwa ya wụọ ọzọ, wee were mkpirisi osisi kụọ n'elu okiriko mbekwu ugbo anọ, wee na-ele ekpiri ya anya muu ka ehi. E mesịa, ọ chịrị kwa ekpiri ahụ wụọ n'ala, wee kwuo sị, "Ihe gbara ya gharịị ka ọ na-ajụ, bụ otu ya ga-eme ka oke mmiri ozuzo ahụ kwechiri ihu igwe hapụ izo. O wee na-arịọ unu bụ ndị ichie, ihe kere ụwa nke jiri ọnwụ aga ọbọ, na ndị agbara ukwu na ndị nta, ka unu lekwasị ya na ndị ụlọ ya anya amara, n'ihi na ihe ahụ bụ ha okenye, bụ nke nna ha ochie dotara ha."

Ọchịọgba gwa ya na ya a gaghị agọchiri nwa ya kwọrọ n'azụ agụgọ ụtụ, n'ihi na ya amaghị ma o welitere aka n'elu wee ghọrọ, n'ihi ya, na ya agaghị agọchitere nna ha ochie agụgọ, kama na ọ bụ arịrịọ ka ya na-arịọ n'aha ndị ụlọ ya nile.

Ekwuigbo gee ya ntị n'olu wee malite kwa ịgba afa ya. Mgbe ọ gbakatara afa ahụ, ọ pụọ jide otu egbenu ọkụkọ were



"Ọ gwa Nnajiọfọ na ije ọ bịara n'afa ịjụta ajụjụ dị mma."

nma tinye ya n'olu, wee gbusara ngwo ngwo nile ahụ o jiri agba afa, na okwu ikenga nna ya ha ọbara ọkụkọ ahụ. Mgbe o na-eme nke a, ka ndị gbakọrọ n'ebe ahụ jiri mata na okwu ahụ siri ike. Mgbe o mere ihe ndị a, ọ malite ikwu ihe afa gwara ya, wee sị na Ọchịọgba na ndị ya, na ndị ụlọ Ojeụga ga-alụchiri ndị ụlọ Anụta nwunye wee kụọ ha aka n'obi n'ihi ada ha nwanyị ha refuru n'oge ochie. Nke ọzọ, ha ga-eji otu ehi, ewu abụọ, ebulu abụọ, ukwu akwa dị iche iche asatọ, ji ọgụ abụọ dị ukwu, egbenu isii, nwunye ọkụkọ isii, ite mmaị aka abụọ isii, atụrụ na-amụghị nwa abụọ, ụkpa akpụ e kpere ekpe anọ na ite ngụ anọ, nko azụ anọ, mkpụrụ ọjị ugo gbara otu, ọgụ na anọ na ose-ọjị e suru esu. Ọ gwa Ọchịọgba na mmiri ogụrụ dị n'ibe ejụ na-eche nwa nkịta, n'ihi ya, ka o mee ngwa ngwa mata ihe ọ ga-eme n'ihi na akwa dimkpa bụ "Toa!" Ọchịọgba kwee n'isi, wee gwa ya na ihe a na-amaghị otu a ga-esi mezie ya bụ nanị ọnwụ.

Ekwuigbo chịrị kwa ekpiri ya wụọ n'ala, chịrị kwa ya wụọ ọzọ wee bulite ihu ya lee Nnajiọfọ ka ọ siri nọdụ ala wee kpakọta aka ya. Ọ gwa Nnajiọfọ na ije ọ bịara n'afa ijụta ajụjụ dị mma. Ọ gwa ya sị, "Ije gị dị mma, dị ka i siri chọọ ijụta ihe gbasara nwa gị nwanyị. Afa kwuru na nwa gị na-esoro ndị otu ya na-agaghari n'obodo. Ọ dị n'ime otu. Otu ha dị ọtụtụ, ma sie ike, n'ihi ya, ha dụrụ isi n'ime ha na ọ dịghị onye ọ bụla n'etiti ha ga-ahapụ otu ha. Ma ọ dị ihe ha kwuru. Ọtụtụ n'ime ha kwuru na ha agaghị abara nne ha na nna ha uru. Ọtụtụ kwuru na ha ga-anwụ mgbe ha lụrụ di wee mụọ nwa mbụ ha. Ndị ọzọ kwuru na ọ bụrụ na mmadụ ọ bụla emee ha ihe ọ bụla ga-ewute ha nke ukwu n'ime obi, ha anwụọ."

Mgbe ọ na-agwa ya ihe ndị ahụ nile, oke ahụ ọkụ bịakwasị Nnajiọfọ, nke mere ka obi na-eti ya kpum, kpum, kpum. O wee na-ele Ekwuigbo anya n'ọnụ zii.

Ekwuigbo wee kwuo ọzọ sị, "Nnajiọfọ, afa kwuru na ada gị hụrụ gị na nne ya n'anya nke ukwu, n'ihi na o kwuru na ya agaghị enye unu nsogbu dị ka ndị ọzọ na-enye nne na nna ha. Ada unu kwuru na nanị ihe ya ga-eme unu bụ na unu agaghị amụta nwa ọzọ. Ọ bụ ya mere na unu amụtaghị nwa ọzọ. Nke ọzọ, o kwuru na ya agaghị enye unu nsogbu, nanị ma unu malitere inye ya nsogbu. Ma nke kachasị ha nile bụ na o kwuru na ọ dịghị onye ga-amanye ya onye ọ ga-

alu. Ọ bụ ya mere o jiri asarịta unu okwu n'ihe gbasara ịlụ di."

Nwanyị na-ete ogiri, na-amata ijiji anya kpọrọ. N'ihi ya ka Ekwuigbo jiri na-agwa Nnajiọfọ ihe dị omimi nke afa gwara ya. Nnajiọfọ jụọ ya sị, "Olee ihe m ga-eme ka ada m nwanyị hapụ otu ahụ, nke ga-eme ka ihe ahụ nile o kwuru ghara ime, n'ihi na ọ bụ otu anya ji isi ụgwọ?"

Ekwuigbo lee ya anya zii, wee chịrị kwa ekpiri ya wụọ n'ala ghararam, chịrị kwa ya wụọ ọzọ, were ọfọ ya n'aka wee gwa ya na ọ ga-eme ọtụtụ ihe. Nke mbụ, bụ na ọ ga-aga siere ukwu ụdara dị na Eziakpaka nri. Ọ ga-egbu ọkụkọ, buru ji ga-atụ n'anya mba atọ, ite mmaị aka abụọ ga-adị ya, mkpụrụ ọjị atọ na ụmụ ngwo ngwo nile e ji esi ihe oriri. Mgbe o mechara nke a, ọ ga-aga nye Ogwugwu nri. Ihe ọ ga-eji mee nke ahụ bụ nko azụ, otu obi akwa, ọkụkọ, otu akwa, ụkpa akpụ na ite ngụ, na ọjị abụọ na ite mmaị aka abụọ.

Ọ gwa ya na ihe ahụ ọ ga-esi n'ukwu ụdara e nweghị nwoke ga-edetụ ya ọṅụ. Nanị ọjị ka ndị nwoke ga-ata, wee ṅụọ mmaị. Ihe ahụ e siri esi bụ nanị ndị agbọghọ ga-eri ya, ma soro kwa ṅụọ mmaị. Nke ọ ga-esiri Ogwugwu bụ ndị okenye nwoke na nwanyị ga-eri ya.

Mgbe o mechara ihe ndị a, ọ gaa bọọrọ ada ya iyi ụwa nke o liri n'iro Ichekọkụ n'ukwu osisi akpụ ukwu dị n'akụkụ okwu ndị mmadụ na-emeya emeya. O kwuo na mgbe onye ga-abọ iyi ụwa ahụ ga-eji bọọ ya bụ n'ọnụ ụtụtụ, tupu anyanwụ eju igwe, ma ọ ga-abụ n'ụbọchị Afọ, ma ọbụ n'ụbọchị Eke, n'ihi na ọ bụ n'ụbọchị Nkwọ na Orie ka ndị otu ahụ na-eji enwe ọgbakọ ha. Nke ọzọ, tupu ha abọọ iyi ụwa ahụ, ha ga-agaa n'ukwu ụdara nwa-enwe dị n'azụ ụlọ Igbobuchi, gbuo otu egbene ọkụkọ, ma gbaa ukwu osisi ahụ gburu gburu ugbo atọ, wee gbusa ọbara ọkụkọ ahụ n'elu nkume tọgbọrọ n'ebe ahụ. Ọ gwa ya na nke ahụ dị oke mkpa, n'ihi na ọ bụ n'ebe ahụ ka ha na-agbakọta tupu ha amalite ije ha.

Nnajiọfọ na-ele ya ka isi anụ a kpụkpụrụ akpụkpụ, ma na-ekwe n'isi. Ekwuigbo gwa ya na ọ dị ihe ndị ọzọ ọ ga-eme mgbe o mechara ihe ndị ahụ nile. Ọ gwa ya na ọ ga-akpọgara dibia ada ya, ka ọ kanye ya ihe n'ihu. Ma ọ gwara Nnajiọfọ na mgbe nke ahụ ruru, ọ ghaghị ịbịa n'ụlọ ya ọzọ, ka ya kọwara ya ihe nile ọ ga-eme, n'ihi na ntụ dị n'ụlọ okokporo na-eche ya ka ọ lọta.

Nnajiọfọ kwe ya, ma kelee ya ekele nke ukwu, gwa ha na ya alaa. Ha sị ya laa nke ọma. Nnajiọfọ chịkọrọ akwa ọgọ-enwe-ute ya wụkwasị n'ubu ya, were mkpọ ya wee laa.

Mgbe ọ na-aga n'ụzọ, obi ya nile dị n'okwu ahụ dibia afa gwara ya, na otu ọ ga-esi kwọrọ onye ukwu wara mgbe o rutere n'ụlọ ya ọzọ. Ọ bụrụ na ọ dị onye o zutere n'ụzọ, ọ maghị. Ọ bụrụ na ọ dị onye kelere ya ekele, uche ya dị n'ebe dị anya. Ma o kwere ekele ọ bụla, abụghị nke dị ya n'uche. Nanị ihe dị ya n'uche bụ ka ya laa n'ụlọ wee kọọrọ nwanyị ya bụ Izugbeakụ n'ebe ya gara, na ihe dibia afa gwara ya, ka ha gbarịta izuzu wee mata ihe ha ga-eme ka obi Erimma wee dị ọcha ọzọ. Nke ọzọ, ka ha gbarịta izuzu wee kwenyerịta n'okwu ha ga-agwa nwoke ahụ gwara ha na ya ga-abịa ije ịjụ ase n'ụlọ ha n'ụbọchị ahụ.

Mgbe o na-erute n'ụlọ ya, ọ hụrụ Izugbeakụ ka ọ na-elegharị anya, dị ka onye na-achọ mmadụ. Ọ kpọọ Izugbeakụ olu oku abụọ, ọ zaa ya. Ọ jụọ ya olee ihe mere o jiri achagharị anya ya ka onye na-ele anya mmadụ. Izugbeakụ gwa ya na ya ahụghị ya. Nke ọzọ, na Erimma apụọla gawa n'ụlọ nne ya ochie. Nnajiọfọ jụọ ya sị, "Olee ihe ọ gara ime?" Izugbeakụ zaa ya na ya amataghị, kama na ọ bịara gwa ya ka ya gaa n'ụlọ nne ya ochie.

Nnajiọfọ lee otu ezi anya, chee echiche ihe ọ ga-eme, ma ọ dịghị ihe bịara ya n'isi. O wee tado egbugbere ọnụ ala ya eze, were aka ekpe ya kpudo afụ ọnụ ya. Mgbe nwa oge gara, ọ malite ịta ikikere eze. Emesịa, ọ gwa Izugbeakụ na ya gara gbaa afa, dibia wee gwa ya ọtụtụ ihe gbasara Erimma. Izugbeakụ gwa ya ka ha banye n'ime ụlọ ka ọ kọrọ ya, n'ihi na ha amataghị ma ọ dị ntị na-anụrụ ihe ha na-ekwu. Ha abụọ wee banye n'ụlọ.

Nnajiọfọ were oche, Izugbeakụ were kwa nke ya. Nnajiọfọ wee malite ịkọrọ ya akụkọ ije ya, ihe dibia gwara ya, na ihe bụ uche ya n'ime okwu ahụ nile. Ihe ahụ nile ju Izugbeakụ anya. O wee na-agba n'aka, na-ekwe n'isi, ma were uche ya na-achịkọta ihe nile na-eme, na nke mere n'oge gara aga, ịjiri kwado na ihe nile ahụ dibia afa kwuru bụ ezi okwu. Mgbe Nnajiọfọ kọchara akụkọ ya, Izugbeakụ gbaa n'aka. Ha abụọ lerịta onwe ha anya wee kwe n'isi.

Emesịa, ha wee gbaa izuzu ihe ha ga-eme na otu ha ga-esi mee ihe nile ahụ dibia afa gwara ya. Ma ha zigara nwoke ahụ ọ gara n'ụlọ ya ozi ka ọ gwa Erimma lọghachi, n'ihi na ihe ahụ a na-afụ apịala. 3/14

# 8

Mgbe ha kpachara ihe banyere Erimma, Izugbeakụ bilie, gwa Nnajiọfọ ka ya gaa n'ụlọ ha wee kpọlata Erimma, n'ihi na ha hapụ ya, ọ gaghị alọghachi n'onwe ya. Nnajiọfọ kwenye, Izugbeakụ wee gaa.

Ndị ụlọ akwụkwọ ọta akara emechiela, mgbe Izugbeakụ na ada ya bụ Erimma jiri lọta. Nnajiọfọ na-ekekọ ome ji n'ugbo ya mgbe o jiri hụ ha. Oge eteghị aka, mgbe o jiri pụta n'ugbo ahụ, chịrị igbegiri mkwụ kpọrọ nkụ nke o kpokọtara gaa n'ụlọ obi ya wee wụsa ha. Ndị ahụ ka ọ gaeji menwuo ọkụ n'oge abalị, mgbe oke oyi na-ejide ndị agadi nwoke.

O wee banye n'ụlọ, kpọọ Izugbeakụ na Erimma, ha bịa were oche. O wepụta mkpọ ụtaba ya, mere ụtaba n'obo aka ekpe ya, were mkpịsị aka nri ya nke abụọ mere ya kpọọ n'ibe imi aka ekpe, ma mere kwa ọzọ, kpọọ n'imi aka nri ya, wee kwacharịa akpịrị ya. Izugbeakụ na Erimma na-ele ya anya. Ma obi Erimma etighi kpum, n'ihi ihe nna ya ga-eme, n'ihi na Izugbeakụ akọwọro ya otu nna ya siri dunye ya ka ọ gaa kpọghachi ya n'ụlọ ha.

Mgbe Nnajiọfọ kpọrọ ụtaba ahụ ugbo ole na ole, nke mere ka ọkpụrụkpụ anya mmiri na-apụta ya n'anya pee, o bulite obo aka ahụ o menyere ụtaba n'ime ya wee kpọnye nke fọdụrụ n'otu. O wee tichapụ ndị takụdoro ya n'aka, bilie ọtọ gaa n'ezi wee zie imi, ma hichaa aka imi ụtaba ya n'ụkwụ ya abụọ. Mgbe ọ banyere n'ime ụlọ ọzọ, ọ gwa Erimma na ọ bụ ezie na ya nwere iwe dị ọkụ n'ahụ ya, n'ihi okwu ahụ ọ sara ya, ma ugbua, iwe ya adajụọla. Kama, na ihe ya chọrọ ịdọ ya aka na ntị, bụ ka ọ mata otu ọ ga-eji naagwa nna mụrụ ya okwu. O kwuo na ọ dịghị mgbe ya na

nne ya bụ Izugbeakụ ga-eduhie ya n'ụzọ ọ bụla, n'ihi na ọ bụ nwa ha.

Ọ gwa ya na ya gara n'afa, dibia wee gwa ya ihe ya ga-eme banyere alụrụ di, ma ọ bụ alụghị di ya. N'ihi ya, ka ya jiri kwuo na ha a gaghị enye ya nsogbu ọzọ, n'okwu ịlụ di. Ma ọ dị ọtụtụ ihe ọ gwara ya ka ha mee n'ihi ahụ ike ya. Ihe ndị ahụ bụ ndị ha chọrọ ịmalite wee mee. Ọ gwa Erimma na ihe banyere nwoke ahụ kwuru na ya ga-abịa n'ụlọ ha, bụ ihe ya na Izugbeakụ chọrọ ịkọwara ya. Erimma wee na-ele ya otu ezi anya.

Nnajiọfọ gwa ya na ha ekwekọrịtala na ha ga-agwa onye ahụ na ọ bụghị uche ha na nwa ha ga-alụrụ di ugbu a. Mgbe ahụ, ọchị wapụta Erimma n'ihu, n'ihi na ihe mmadụ na-achọ n'uko dị n'elu, ka ọ hụrụ n'uko dị n'ala. Nnajiọfọ gwa kwa ya na ihe banyere ahụ ike ya, dị ka dibia ahụ siri kọwa, bụ ihe ha ga-amalite ime n'izu ya. Nnajiọfọ jụọ Izugbeakụ sị, "Ihe m kwuru, ọ bụghị ezie?"

O wee zaa ya sị, "Ọ bụ ihe mere eme." Ha nile bilie, Erimma na Izugbeakụ banye n'ụlọ mkpuke ka ha sie ihe oriri, ma Nnajiọfọ bụ onye were nma ya gaghachi n'ugbo ya ka ọ malite ọlụ ji ya ọzọ. Mgbe ha sichara nri, ha kpọọ ya ka ọ gaa rie nke ya. Mgbe ọ na-eri ihe oriri ka Osita na nwanne ya nwoke bịara wee kụọ aka. Nnajiọfọ gwa ha bata n'ụlọ, ha wee banye, dota ite mmaị ha butere n'akụkụ isi ụlọ, ọ na-agbọ ụfụfụ. Nnajiọfọ welite olu ya wee kelee ha, ma gwa ha bịa soro ya rie ihe. Ha kelee ya nke ọma, ma gwa ya rie n'ihi na ha eriela n'ụlọ ha, tupu ha malite ije ha.

Mgbe Nnajiọfọ richara ihe, o bilie pụta n'ụlọ obi ya, ha kelee ya ọzọ, o kwe ha. Ha nile wee kwerịta n'aka, Nnajiọfọ gwa ha nọdụ ala. Ha nọdụ ala. Nnajiọfọ tichaa aka nri ya n'isi wee bilie ọtọ, gwa ha chere ya ka ya bịa, ha kwere ya, o wee banye n'ime ụlọ.

Mgbe ọ pụtara ọzọ, o buru ọkwa ọjị n'aka, nke mkpụrụ ọjị ugo buru ibu dị n'ime ya, wee gaa nọdụ ala. Ndị ahụ bịara n'ụlọ ya na-ele ya zii. O kuo ada ya bụ Erimma, gwa ya gaa ghọtara ya ose nwa-ụtọrọ n'ugbo. Mgbe ọ chọrọ ịga, ọ kpọghachi ya azụ wee gwa ya ka ọ gwa Izugbeakụ ka ọ bịa kelee ndị bịara n'ụlọ ha. Erimma mee dị ka ọ gwara ya, wee gaa n'ugbo ka ọ ghọtara ha ose. Ma oge ahụ nile, anya Osita dị n'ebe Erimma dị, ma ọ gaa n'elu, ma ọ gaa n'ala. Ma Erimma eleghị ha anya dị ka ndị ọ hụrụ mgbe ọzọ.

Mgbe Izugbeakụ batara n'ime ụlọ obi, ọ sapụtara ihu wee kelee ndị ọbịa ahụ ekele nke ọma, kwe ha n'aka, ha sepụtakwa ihu wee kwe ya ekele, ma kwe kwa ya n'aka. Izugbeakụ gaa were oche nọdụ ala. Nnajiọfọ gwa ha na ya enweela ọjị, wee chee ya n'ihu ha. Ha abụọ kwee n'isi, ma kelee ya ekele nke ukwu, gwa kwa ya na ọjị eze dị eze n'aka, n'ihi ya ka ọ waa ọjị ahụ ka ha nile taa. Nnajiọfọ kwee n'isi, ha nile wee malite ịchị ọchị.

O wee malite ịgọ ọjị ahụ wee kwuo sị, "Ahụ ike, ihe ọma, ọmụmụ na ụba ka anyị na-arịọ." Ha nile zaa ya sị, "Ọ bụ ihe mere eme." Nnajiọfọ kwuo sị na otu nwoke onye Enugu-Ukwu kwuru n'otu oge ọ na-agọ ọjị sị na ihe ya na-arịọ ihe kere ụwa bụ ụzọ ihe atọ, ọmụmụ, ego na ogologo ndụ, n'ihi na ọ dị nke fọdụrụ, ego aghaghị ịzụta ya. Ha nile wee dapụ n'oke ọchị. Osita gwa ya na ihe ahụ bụ ezi okwu, n'ihi na onye nwere ụzọ ihe atọ ahụ, enweela ihe nile. Ha nile chịa oke ọchị ọzọ.

Nnajiọfọ wee racharịa egbugbere ọnụ ya, wee malite ịgọ ọjị ahụ ọzọ. O kwuo sị, "Ihe anyị na-ekwu bụ nke a, mkpu hụrụ anyị wee na-azụgharị ọkịka, añanrị kwobiri ya isi."

Ha nile zaa ya sị, "Ọfọ."

O kwuo ọzọ sị, "Ihe anyị kwenyere bụ egbe bere, ugo bere, ma nke ọ bụla chọrọ ka ibe ya ghara ibere, nku kwapụ ya."

Ha nile tie mkpu sị, "Ọfọ."

O kwuo na ọfọ ka ide jiri awa ala, n'ihi na ide gwara ndị na-azọ ala n'obodo sị ha jisie ike, n'ihi na mgbe ya bịara, na ya ga-akpa oke ala nna ya ha gosiri ya. O ruo mgbe mmiri malitere izo, ide gaa waa ala wee kpaa oke ala nna ya gosiri ya. Ha nile dapụ n'oke ọchị.

Nnajiọfọ kwuo na ha dị ndụ mgbe mmiri jiri gbarụọ, ha nọdụ kwa ndụ mgbe mmiri chọrọ ka o doo, n'ihi ya, ha na-arịọ onye kere ụwa ka o nye ha nile ogologo ndụ ka ha hụ mmiri ahụ ka o dochara nke ọma. O kwuo na mgbe ochie, ndị nwanyị ka a na-akpọ oriakụ, ya mere ha na-asị oriri bim bim n'ọnụ ha. Ndị nwoke bụ ndị chi kere wee kee ahụhụ, ma ugbu a, ma nwoke, ma nwanyị ataala ahụhụ ahụ nke ọma, n'ihi ya, ọ bụghị nanị nwanyị ga-aghọrọ oriakụ, nwoke ga-eso bụrụ oriakụ.

Ha nile dapụ n'oke ọchị wee lee Izugbeakụ anya.

Izugbeakụ dapụkwuo n'ọchị, wee jụọ sị, "Ọbụ m ka unu na-agwa?" Ha nile chịa oke ọchị, nke mere ka ọnụ mmiri na-aga ọtụtụ n'ihu, ndị ọzọ, anya mmiri na-aga ha pem pem n'ihu. Onye na-achị oke ọchị, ọ dakwasị ibe ya n'ahụ. Mgbe ha chịchara ọchị, Nnajiọfọ malite ịgọ ọjị ya.

"Anyị na-arịọ Chukwu kere mmadụ, onye zara mbara igwe, onye na-ahụ ụzọ n'ọchịchiri, onye maara ihe nzuzo, onye obi ọma, onye okike, onye hụrụ mmadụ n'anya wee nye mmadụ onyinye dị iche iche nke anyị na-adịghị eji ego azụrụ, ka ọ bịa gọzie anyị, ma gọzịkwa ọjị a, ka mgbe anyị tara ya, ka o nye anyị obi ọcha nke ọjị mmadụ jiri ezi obi wepụta na-eweta."

Ha nile zaa ya sị, "Ọ bụ ihe anyị na-arịọ."

Mgbe ahụ ka Erimma wetara ya ose nwa-ụtọrọ ahụ, ọ gwara ya gaa ghọta. O wee kelee ndị ahụ bịara n'ụlọ ha wee gaa wụnye mkpụrụ ose n'ime ọkwa ọjị ya. Ma ọ dị otu ihe ọchị mere. Mgbe Nnajiọfọ tụrụ nzu n'ala wee kpọpụrụ ha ka ha tụọ, tupu ọ malite ịgọ ọjị, Osita amaghị atụ nzu. N'ihi ya, ọ kara ihe atọ n'ala wee kpọghachiri Nnajiọfọ nzu ahụ. Ugbu a, Nnajiọfọ na-agọ ọjị ka anya ya gara n'ihe ahụ ọ kara.

Nnajiọfọ wee kwụsị ịgọ ọjị ahụ, were nzu kpọpụrụ ya, wee gwa ya ka ọ kazuo ihe ahụ nke anọ, ma ọ bụ karịa, n'ihi na mmadụ a dịghị atụ nzu atọ n'obodo ha. Ihere bịa Osita n'ihu, ma ọ rịọrọ arịrịọ, wee kwuo na ihe onye ọ bụla na-amaghị bụ ya okenye. Ha gwa ya na ha matara nke ọma na ọ mataghị, n'ihi ya, nsogbu a dịghị ya.

Nnajiọfọ wee bulite kwa ọkwa ọjị, wepụtakwa mkpụrụ ọjị ahụ, wee kwuo sị, "Osita, ndụ gị."

Osita zaa ya sị, "Ọfọ."

O kwuo ọzọ sị, "Nwanne gị nwoke, ndụ nke ya na ndị ụlọ ya."

O wee zaa ya sị, "Ọfọ."

Ọ sị, "Izugbeakụ, ndụ gị, Erimma, ada m, ndụ gị. Ndụ nke m, n'ihi na Okoye Ugokwe kwuru sị, ihe ya kwuru ka ọ ghara ime mmadụ, ihe ahụ emela ya."

Ha nile kwuo sị, "Nnajiọfọ, ị ga-akọ akụkọ okenye. Ị ga-agọka nka-o."

O wee gbọwaa ọjị ahụ, wunye ha n'ime ọkwa ọjị wee lee ya anya, kwuo, "Olisa kere ụwa, ekelee m gị." Ha nile na-ele ya zii. O were aka ọjị ya, were ose taa, ma bunye

Osita, mmadụ nile wee taa.

Nnajiọfọ kwacharịa akpịrị ya, wee buru ọkwa ọjị ahụ dota n'otu akụkụ. O wepụta mkpọ ụtaba ya mere ya n'obo aka ekpe ya wee nye Osita na nwanne ya ka ha mere nke ha. Osita kwuo na ya a dịghị akpọ, kama na ya na-ese anwụrụ. O tinye aka n'uwe ya wepụta mkpọ siga, were otu tinye n'ọnụ ma were mkpụrụ egbu-ọkụ kpaa, wee munye ya, anwụrụ na-aga n'elu tii.

Nwanne Osita bụ Ikenna bụ onye nara ya mkpọ ụtaba wee mere nke ya, malite ịkpọ. Mgbe ahụ, Erimma abaala n'ime ụlọ, nanị Izugbeakụ bụ onye nọdụrụ na-ele ha nile anya zii.

Emesịa, Ikenna tuo Nnajiọfọ aha, o tughachi ya nke ya. O wee gwa ya na ihe mere ha jiri bịa, bụ n'ihi okwu ahụ ha gwara ya na Izugbeakụ n'ụbọchị gara aga ha bịara n'ụlọ ha. O kwuo sị na ọ bụ ụzọ dị mma ka mmadụ na-aga ugbo abụọ. Ọ gwa ya na ọ dị ahịa ọma nke ha hụrụ wee jụọ mmadụ ase ya, onye ahụ wee gwa ya na ọ bụ n'ulọ ya ka ahịa ahụ dị. N'igbu okwu ka ọ bụ akụ bekee, o kwuo na ha hụrụ ada ya nwanyị, ihe ya dị ha mma, ha wee na-achọ na ọ bụrụ uche ha mụrụ ya, ma bụrụ kwa uche onye nwe mmadụ, ka ha lụrụ ya. Ọ bụ ije ha. Nke fọdụrụ, na ọ dị otu ite mmaị ha sekpụtara wee chọọ ka ha na-añụ ya mgbe ha na-akparịta ụka.

Nnajiọfọ kelee ya ekele nke ukwu, ma gwa ya na ije ha bụ ije ọma. O kwuo na nwa a bụghị nke otu onye, n'ihi ya, na ha chọrọ ka o nye ha oge, ka ha jụọ ajụjụ, ka ya onwe ya jụọ ajụjụ. Ọ gwa ya na ọ ghaghị ịnata ozi ya ga-ezigara ya, mgbe ahụ, ka ha bịakọtazuo ọzọ, ka ha wee mata n'ebe asụsụ dotara ọdụ, na otu eke siri anya anwụ. Ha nile kwee n'isi, kwuo na okwu ahụ dị ha mma n'obi. Mgbe ha ñụchara mmaị, Nnajiọfọ gbaghapụ nke fọdụrụ n'ime ite mmaị ya. Ndị ahụ were ite nke ha wee laa n'ụlọ ha. Mgbe ha chọrọ ịla, Erimma jụrụ idupu ha n'ụzọ.

# 9

Nnajiọfọ wee jikere isiri ukwu ụdara Eziakpaka nri, dị ka dibia afa siri gwa ya. O wee zụta ji atọ, lute ite mmaị aka abụọ, zụta mkpụrụ ọjị ugo atọ na otu egbenu ọkụkọ. Izugbeakụ bụ onye bukọtara ihe e ji esi ite, dị ka mmanụ, nnu, ose, mmiri na ite na eku na ọkụ. Ha zigara Ekwuigbo ozi, wee gwa ya na dibia gbara afa ga-achụ aja.

Mgbe ha kara aka wee zuo, ha wee bukọrọ ihe ndị ahụ nile, ha na Erimma yịkọrọ gaa ime emume ahụ. Mgbe ha na-erute n'ebe ahụ, ndị agbọghọ na-eme ụdara n'ogbe ahụ agbakọtala, na-agụ uri wee na-agba. Ha wee dota ihe nile ha bukọtara n'otu akụkụ wee chere, ruo mgbe Ekwuigbo bịara n'ebe ahụ.

Ekwuigbo dota oche ya n'ala, dota kwa akpa nwa-ehi ya n'akụkụ mkpọ ya. Ọ gaa chịkọta isi akwa ọgọ-enwe-ute ya wee pịanye n'etiti ụkwụ ya. Ndị agbọghọ ahụ azachaala ukwu ụdara ahụ gburu gburu. Ha wee gaa nọdụ kpem n'otu akụkụ, wee na-ele anya ihe dibia ahụ na-eme. Mgbe dibia ahụ gọchara ọjị, ọ waa ya were aka ọjị ya taa, bunye Nnajiọfọ, o were nke ya taa wee bunye ndị ọzọ, ha nile were taa. Ekwuigbo legharịa anya, ka ọ mata otu ndị agbọghọ ahụ siri bịa, ma ọ dị onye ọbịa sonyere ha, ma ọ dighị. Ọ gaa jide egbenu ahụ, gbaa gburu gburu ukwu ụdara ahụ, dị ka o siri kwuo wee gbuo ya, tụpụrụ ndị agbọghọ ahụ. Ha gaa buru ya, malite ịkpọcha ya.

Ọ chinye ha mba ji atọ ahụ, ha malite ịbacha ya, ka ha sie ji awayị. O wee bute ite mmaị, tara otu iko wee wụpụ ya n'okwu ahụ, wee malite ịtanye n'iko ya. Mgbe ọ ṅụrụ nke ya, ọ tanyere ndị ọzọ nile, ha nile ṅụọ. Mgbe ndị agbọghọ na-esi erimeri ha, ndị ọzọ na-aṅụ mmaị ha. Mgbe ha sichara,

ha kupute ha n'ime ọkụ ukwu, ha nile gbaa ya gburu gburu wee richapụ ha n'ime ntabi anya.

Mgbe Ekwuigbo ṅụrụ mmaị otu o nwere ike, o were mbubo gbara nke fọdụrụ wee laa, mmadụ nile wee gbasaa. Mgbe ọ gara izu Igbo abụọ, Nnajiọfọ chọọ ime emume nke na-esota ya bụ ịga n'Ogwugwu wee nye ya nri. Ọ gaa ahịa ukwu ha bụ Eke Oyibo wee zụkọta ihe ndị ahụ dibia gwara ya. Ha bụ nko azụ, otu ọbi ákwa, egbenu ọkụkọ, otu akwa ọkụkọ, ite mmaị aka abụọ, na ihe ndị ọzọ Izugbeakụ zụtara, bụ ọjị abụọ, ụkpa akpụ e kpere ekpe, na ite ngụ o jiri aka ya gbaa.

Ya na Umeanọ bụ Eze Ogwugwu ekwekọrịtala mgbe ha ga-eme emume ahụ. N'ụbọchị ahụ, ha nile bukọrọ ihe ndị ahụ ha zụkọtara, wee gaa n'Ogwugwu. Mgbe ha na-erute n'ebe ahụ, ndị okenye nile na-esoro emeya Ogwugwu na Eze Ogwugwu agbakọtazuola na-eche ka ndị ahụ rute. Udele ole na ole adaala na-agagharị n'ezi, mgbe ha hụrụ ọgbakọ mmadụ n'ụlọ Ogwugwu, n'ihi na a chụọ aja uriom ma a hụghị udele, a mara na ọ dị ihe mere n'obodo ndị mmụọ. Ma otu onye dị oke mkpa adịghị n'ebe ahụ mgbe ha rutere. Ọ bụ oje ozi n'Ogwugwu. Eze Ogwugwu gaa were opi ya gbuo, nke bụ otu o siri eme mgbe ọ bụla mmadụ ga-enye Ogwugwu nri. Emesịa, nwata ahụ jiri ọsọ bịa.

Eze Ogwugwu wee gaa n'okwu Ogwugwu, were ọjị gọọrọ ya, ma were kwa mmaị kwasara okwu ahu. O wee chigharịa gaa warie ọjị ndị ọzọ, mmadụ nile taa. Ọ tara iko mmaị ṅụọ, wee dọpụ nke fọdụrụ, otu okoro tanye mmadụ nile otu iko, otu iko. Ọ nwụrụ ọkụkọ gaghachi n'okwu ahụ wee gbuo ya, tụpụ ozu ya n'ala, nwata ahụ na-aga ozi wee buru ya gaa kpọchaa. Ha buru mba ji abụọ dị n'ime ụkpa malite ịbacha ha. Izugbeakụ malite kwa ịgwọ akpụ ahụ. Mgbe ha gwọchara, Eze Ogwugwu gaa nye okwu nke ya, bute nke fọdụrụ, ndị okenye ahụ dọsaa nko azụ ahụ, mmadụ nile were ya taa akpụ ahụ. Akwa Nnajiọfọ chịtara, ka dibia ahụ gbasara n'okwu ahụ, n'ebe arụsị a tụrụ atụ bụ ogwugwu dị. Mgbe ji awayị ghere, ha nile were eku richapụ ihe ahụ nile, ma Eze Ogwugwu were mbubo gbara mmaị bulaa n'ụlọ ya. O bukọrọ akpụ na ite ngụ fọdụrụ na nko azụ e wepụtaara ya. Mmadụ nile wee laa, udele wee malite iri nke ha. Mgbe ahụ, Nnajiọfọ nwee obi ọcha na ya emeela ihe ole na ole dị oke mkpa. Ndị fọdụrụ, bụ ịga n'ukwu ụdara nwa-

enwe mee omenala dịịrị ya, na ịbọrọ Erimma iyi ụwa. Ihe ndị a bụ ndị ga-erikwa ọtụtụ ego. N'ihi ya, Nnajiọfọ chọọ ka ya chere nwa oge were kute ume ndụ.

Otu ọnwa gara, ma ọ bụ abalị ọgụ na iri, tupu Nnajiọfọ kwuo ọzọ na mmiri dị n'ibe eju na-eche nwa nkịta, n'ihi ya, na ya ga-ejisie ike n'ihi na iku na-eche anya, ka ya were mgbe ahụ ya dị ndụ wee mechaa ihe nile dibia kwuru, ka ndị ya ghara ịta oke ahụhụ, ma a chọọ ya wee ghara ịhụ ya. O wee gaa gwa Ekwuigbo ka o soro ya gaa mee ihe ahụ ọ gbara n'afa. Ekwuigbo gwa ya na ọ dị onye ya gwara ka o chere ya, ka ya nye nwa ya nọ n'ọrịa ọgwụ. Ha abụọ wee kwuo mgbe ga-adịrị ha mma. Mgbe ha kara aka, ha gaa n'ukwu ụdara nwa-enwe dị n'azụ ụlọ Igbobuchi. Ekwuigbo nwụrụ ọkụkọ gbaa ukwu osisi ahụ gburu gburu ugbo atọ wee gbusara nkume tọgbọrọ n'ebe ahụ ọbara ọkụkọ ahụ wee buru ozu ya. Nke ahụ bụ dibia ahụ ga-eri ya. Mgbe ha mechara omenala dị ka afa siri kwuo, Nnajiọfọ gwa ya na ọ bụ nwanne echi ya, ka ọ ga-agaa bọọrọ Erimma iyi ụwa.

N'ụbọchị ahụ ha ga-abọrọ ya iyi ụwa, onye ha gwara ga-abọ iyi ụwa ahụ bịa. Ha were ọnụ ụtụtụ pụọ ịbọ iyi ụwa n'Ichekọkụ. Mgbe ha rutere, nwa dibia jụọ Erimma olee n'ebe o liri iyi ụwa. Ọ gaa rụtụ ya aka n'ukwu osisi akpụ ukwu ndị mmadụ tụkọrọ ahịhịa ha zakọtara n'iro ahụ. Onye ahụ kpochaa ahịhịa ahụ wee malite igwu ala n'ebe ahụ. Mgbe ọ bọchara ala nke ọma, o jide egbenu ahụ gbusa ọbara ya n'olulu ahụ, were aka ya sụọ ya n'akụkụ ebe ahụ. O were kwa ọgwụ o jiri abọ iyi ụwa kobe ya n'elu mkpirisi osisi ọ sụdoro n'ala n'ihu ebe ahụ ọ na-egwu ihe ahụ. Mgbe ahụ ka o jiri malite igwu ya n'ike n'ike, ma na-egbu anya ukere ka ọ hụchata ihe ọ bụla dị ka ihe ahụ e liri n'ala. O gwuela ihe ruturu ya n'ukwu, ma akụ atụtaghị eleke ntị-ọba. O lee anya n'elu, lee anya n'ala wee maa ọsọ, piom. Mmadụ nile guzoro n'ebe ahụ na-ele ya muuu.

Nnajiọfọ jụọ ya sị, "Olee otu abịa siri ada, n'ihi na isi nnụ na-atụghị ite ofe bụ nzu." Nwoke ahụ taa ikikere eze wee kwuo na ọ ga-achọta ọkụkọ ọzọ. Nnajiọfọ were ire wee gụọ eze ya ọnụ, n'ihi na ilu a tụrụ nwa nnụnụ, a na-atụrụ ya nwa nza. Nnajiọfọ chịrị ụkwụ nkịta gaa n'ụlọ ya ka ọ nwụtara ya ọkụkọ ọzọ, n'ihi na anya na-ele anụ, a dịghị ele ihe ọzọ. Ma uche ya a gaghị n'ihe nile o mefuru n'isi Erimma, n'ihi na a dịghi agụ ụkwụ esu ọnụ, kama ihe uche ya gwara

ya bụ na ihe ọ bụla nwere isi mmalite, nwere isi ngwụcha, ma nke kachasị oke mkpa bụ ka ọ hụ ihe ọ na-achọ.

Mgbe ọ bịaghachiri, dibia ahụ gbuo ọkụkọ ahụ n'olulu ahụ, were kwa ọgwụ o wepụtara n'ime akpa nwa-ehi ya fee ya gburu gburu olulu ahụ, ma mumuo okwu ole na ole ndị nọdụrụ n'ebe ahụ na-amaghị ihe o kwuru, wee malite igwu ihe ahụ ọzọ, ọsịsọọ na-aga ya pem pem n'ahụ. O gwuchaala ihe rutere ya n'uku ubu, mgbe o jiri were anya mmụọ hụ iyi ụwa ahụ. O wee gwuputa ya, welite ya elu. Ọ bụrụ mkpụrụ aka asaa, mkpụrụ ọla ọcha, ihe ọzọ na-egbu zịzịzị, na mgba n'aka na-eji oji. Mgbe ahụ, oke ọchị pụta ya n'ihu. Ma nwa ogbenye gbara afọ n'ezie, kama anya nwa-ogbenye hụrụ mmụọ.

Ọ bụrụ na a gụghe ụzọ, agụghe ọnụ. N'ihi ya ka dibia ahụ jiri malite ịkọrọ ha ihe anya ya hụrụ mgbe ya na-abọ iyi ụwa ahụ. O kwuo sị na ọ bụrụ na ya bụ akwụ a sụọ ekporo, ya a gaghị abọta ihe ahụ. Ọ gwa ha na ndị otu Erimma gbara mgba pụrụ iche ka ha chịkọrọ ihe ahụ, ma nke ahụ bụ ihe anya ga-ahụ wee gbaa ọbara. Ma ya bụ akpụ mmadụ. Ya wee mee ha ihe awọ iyi mere awọ ụlọ.

Izugbeakụ jụọ dibia ahụ sị, "Ole ihe ga-eme ma ọ bụrụ na ndị ahụ nwere ike chịkọrọ ihe ahụ?" Dibia ahụ chịa ọchị, kwee n'isi wee gwa ya na ihe ọjọọ aka adapụta n'ime ya. Izugbeakụ tado egbugbere ọnụ ya arụ wee fee isi ya kpaka kpaka. Mgbe dibia ahụ chọrọ ịla, ọ ṅụjuola mmaị afọ, rie ihe oriri otu o nwere ike. Nnajiọfọ nye ya ego ha kwutere, ma nye kwa ya otu ọkụkọ. Ọkụkọ ndị ahụ ha gburu egbu n'ebe ahụ ha bọrọ iyi ụwa ka Erimma buru sie wee rie. Ma ọ dị otu ihe ọzọ mere nke tọrọ mmadụ nile oke ọchị.

Mgbe ịbọ ihe ahụ siri ike, ka dibia ahụ kpọrọ Erimma wee jụọ ya olee ihe ọ chọrọ ka nne na nna ya meere ya, ma ọ bụ ihe ọ chọrọ ka ha zụtara ya? Erimma chịa ọchị wee kwuo na ya amaghị. Onye ahụ jụọ ya ọzọ ka o kwuo ihe ọ bụla siri ya n'obi wee pụta. Erimma chee echiche nwa oge wee kwuo na ha ga-azụtara ya uwe na ihe ọ bụla ọzọ ha chepụtara n'obi ha, n'ihi na ya achọghị inye ya nsogbu.

N'ihi ya, nne na nna ya nwere obi ụtọ n'ebe ọ nọ, n'ihi na ọtụtụ ndị agbọghọ n'oge dị otu ahụ, na-ekwu ihe nile ha chepụtara n'obi ha, ma nke ndị ahụ ga-eme, ma nke ha na-agaghị enwe ike mee. Nke a, gbara ha ume nke ukwu, ha wee cheta okwu ahụ dibia afa gwara Nnajiọfọ na Erimma

hụrụ ha n'anya nke ukwu. Emesịa, ha gaa ahịa zụtara Erimma akwa dị mma ile anya ukwu anọ, ịchafụ isi, akpụkpọ ụkwụ na iyori ntị, ude na ihe ndị ọzọ dị iche iche nke ga-eme ka obi dị ya mma.

Malite n'ụbọchị ahụ, ọ dịghị onye na-enye Erimma nsogbu n'ihe gbasara ịlụrụ di. Nke a pụtara na nwanyị lụọ di abụọ, ọmata nke ka ya mma. Ma otu ihe ọma dapụtara n'okwu ahụ nile bụ na o jikọtara ndị ahụ nile ọnụ, mee ka oke ịhụ n'anya dị n'etiti ha, n'ihi na mgbe oke mmiri ozuzo zochara, ala akọchapụ.

Otu ihe dị kwa nne na nna Erimma ụtọ n'obi, bụ na mgbe ha mechara ihe ndị ahụ nile, oke ahụ ọkụ a dịghị kwa ere Erimma dị ka ọ na-eme n'oge ochie. Nke ọzọ, ọ dịghị eti kwa oke mkpu n'abalị, ma ọbụ na-ekwu okwu mgbe ọ dị n'ụra, dị ka ọ narị eme na mbụ. Nke a, gosiri nne na nna ya n'ezie na Erimma a dịghị kwa n'otu ọgbanje ụwa.

# 10

A dịghị eji otu mgbu nma egbuji aka. Erimma wee kpọọ nne na nna ya wee gwa ha na ya chọrọ ịmalite ịgụ akwụkwọ ọzọ, n'ihi na ọ gụrụ nanị akwụkwọ ise, mgbe Nnajiọfọ jiri gwa ya na ya enweghị ego ịkwụrụ ya ụgwọ akwụkwọ. Ugbu a, ndị obodo ha nile na-akwụrụ ụmụ akwụkwọ nile ụgwọ akwụkwọ n'ọha. N'oge ndị obodo nile, ma nwoke, ma nwanyị nwere ọgbakọ n'iro eze ha bụ Igwe, ha kwekọrịtara na ndị nwoke nile ga-atụ, otu onye ọgụ ego abụọ, ma ndị nwanyị lụrụ di bụ ndị ga-atụ ọgụ ego otu onye, otu onye. Izugbeakụ na Nnajiọfọ atụọla nke ha.

Ha wee chee echiche n'okwu ahụ Erimma gwara ha, n'ihi na ha a gaghị atụọ ego wee zụọ ụmụ ndị ọzọ, ma nwa ha mụtara a dịghị oke ruturu ya. Ha wee kwadoro ya, kwuo na ọ ga-agụ akwụkwọ nke isii fọdụrụ ya, ka ọ ga-abụ mgbe ọ pụtara, aka dị onye mma, ka o were hiri isi ya. Ọ dị onye chọrọ ịlụrụ ya wee chọọ ka ọ gaa ụlọ akwụkwọ ukwu, nke ahụ bụ okwu diiri ya.

Ha wee zụkọtara ya akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche na nke ọ ga-eji ede ihe odide, ma zụtakwara ya akpa ọ ga-eji awunye akwụkwọ ya. N'ụbọchị akwụkwọ malitere, mgbe atañụ mbụ dara, Erimma eburu akpa akwụkwọ ya, mgbe o richara nri ụtụtụ ya wee gaa akwụkwọ. Ọ ghọtara oloma ise wunye n'ime akpa ya, were nma nta ọ ga-eji bechaa ha tinye kwa n'ime ya. Mgbe ọ pụrụ n'ụzọ, ọ gara n'ụlọ enyi ya bụ Adaọra kpọọ ya ka ha gaa akwụkwọ. Adaọra ejikerela, ha abụọ wee yịkọrọ gaa.

Mgbe ha na-aga n'ụzọ, ọtụtụ mmadụ, ma ndị chọrọ ibido akwụkwọ izizi, ma ndị na-agarị mgbe ochie, ha nile yịkọrọ, onye ọ bụla o koro akpa ya na-aga. Ha eruola n'ụlọ

akwụkwọ mgbe atańụ nke abụọ jiri dawa. Ndị nkuzi ndị nwoke na ndị nwanyị wee yiri uwe ha mara mma pụta n'ụlọ ha. Otu onye nkuzi na-esota onye isi wee kpọkọta ụmụ akwụkwọ nile n'iro ndi akwụkwọ na-egwuri egwu, ha wee kwụrụ na mgbara na mgbara. Mgbe ọ gagharịchara wee chọpụtachaa ndị uwe ha, eze ha na mbọ aka na ụkwụ ha na-adịghị ọcha, wee dọọ ha aka na ntị ka ha ghara ịdị otu ahụ n'echi ya, ọ kpọrọ ha gagharịa n'ụzọ dị n'ụlọ akwụkwọ ahụ, ka ha mata otu e si aga n'otu. Emesịa, ọ kpọrọ ha banye n'ime ụlọ akwụkwọ, mmadụ nile were oche ha ma nọdụ jụụ. Emesịa ha malite ịbụ abụ. Mgbe nke a gachara, ọ̄ gụọ akwụkwọ Nso, wee kọwaara ha ihe ọ gụtara, ma gwa ha otu o kwesịrị na ha ga-eme kwa ụtụtụ n'ụlọ ha dị iche iche tupu ha eburu akpa ha ịga akwụkwọ. Ha nile gee ya ntị n'olu nke ọma. Mgbe o kwubiri okwu ya, ọ gwa ha mechie anya ka ha kpere Chineke. Mgbe ahụ, mmadụ nile guzoro ọtọ. O wee malite ikpe ekpere ya. Mgbe o kpechara ekpere, ọ kụọ atańụ, gịrịm, gịrịm, ha wee kelee ndị nkuzi ekele. Ọ kụọ ya ọzọ, tańụm, tańụm, ha kelee ndị akwụkwọ ekele.

Onye nkuzi ahụ wee kwuo otu ụmụ akwụkwọ ga-esi lụọ ọlụ wee zachaa ụlọ akwụkwọ nile ka ọ dị mma n'ile anya. Ma tupu ha amalite ọlụ ha, ha ga-agaa denyechaa aha ha n'aka onye nkuzi ha dị iche iche. Ọ kọwara ha n'ebe ndị akwụkwọ mbụ ga-anọ, n'ebe ndị akwụkwọ abụọ ga-anọ, na nke ndị atọ, anọ, ise na isii. Ha nile wee gaa n'ebe ọ bụla onye n'ime ha ga-agụ. Erimma gaa n'ebe ọ gwara ha na ndị akwụkwọ isii ga-agụ akwụkwọ ha. Onye ga-akuziri ha bụ nwoke, bụ kwa onye ahụ kpere ekpere ụtụtụ.

Mgbe ọ hụrụ Erimma, o lee ya anya wee sepụ anya ya ka a ga-asị na agbọghọ ahụ erighi ya obi. Mgbe onye nkuzi ahụ malitere ide aha mmadụ n'ime akwụkwọ, ọ jụọ Erimma olee aha gị? Erimma gwa ya aha ya na nke nna ya, onye nkuzi ahụ denye ha n'ime akwụkwọ. Mgbe o dechara nke ndị ọzọ, ọ họpụta otu nwoke ka ọ bụrụ onye na-eburu ya oche, ma Erimma ka ọ họpụtara ka ọ bụrụ onye isi na-edekọta aha ndị na-eme mkpọtụ mgbe onye nkuzi na-anọghị n'ụlọ akwụkwọ. Ọ bụ kwa ya na Chikezie bụ nwata nwoke ahụ ga-ekere ụmụ akwụkwọ ọlụ mgbe ọ bụla ụmụ akwụkwọ ga-alụ ọlụ.

Mma Erimma mara bụ ihe ndị nkuzi nile bịara akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ n'ụbọchị ahụ gbakọrọ mgbe ụmụ

akwụkwọ na-alụ ọlụ wee na-akọrịta. Erimma na Chikezie kpọrọ ndị ọzọ wee gaa keere ha ọlụ n'ebe e nyere ha ka ha kpochaa, ma n'ebe a gwara ha ka ha were nma sụchaa. Dibia ire nkọ a dịghị agbara mmadụ afa, n'ihi ya, onye nkuzi ahụ ekweghị agwa ndị nkuzi ndị ọzọ na ya nwere ịhụ n'anya n'ebe Erimma dị, kama ihe ọ na-agwa ha bụ ha biko hapụ itinye ọkpọ aghara n'ebe nwa akwụkwọ ya dị.

Mgbe ndị ọzọ na-alụ ọlụ, otu nwa nwanyị bịara n'ebe ahụ wee gwa Erimma na onye nkuzi ha na-akpọ ya. Erimma gaa ngwa ngwa ka ọ mata ihe mere o jiri zitere ya ozi. Mgbe o rutere, onye nkuzi ha jụọ ya olee aha obodo ya, ọ gwa ya. Ọ jụọ ya ihe banyere nne na nna ya, ọ gwa ya. Ọ jụọ ya ihe mere o jiri hapụ igụ akwụkwọ. Erimma gwa ya na nna ya enweghị ego ịkwụrụ ya ụgwọ. Onye nkuzi ahụ gwa ya na ya chọrọ ịmata n'ụlọ ha, ma ọ ga-adị ya mma ka ya bịa? Erimma kpudo ihu ya n'ala, chịa ifurifu ọchị, wee gwa ya na o nwere ike ịbịa n'ụlọ ha.

Onye nkuzi ahụ jụọ ya ma ọ dị onye chọrọ ịlụrụ ya. Erimma gwa ya na ọtụtụ mmadụ na-adọgbu ibe ha ka ha lụrụ ya, ma o nweghị onye ya kwetara. Mgbe ahụ ka onye nkuzi ahụ jiri tulie ugo ya elu. O wee gwa Erimma na ya nwere ịhụnanya n'ebe ọ dị. Nke ọzọ, na ya chọrọ ka ọ mụta akwụkwọ nke ọma, ma emesịa na ya chọrọ ka ha lụọ di na nwunye. Ọ jụọ ya ma nke ahụ ọ dị ya mma n'obi? Erimma chịa ọchị ọzọ, wee gwa ya na ya ekwerela.

Mgbe Erimma na-ala akwụkwọ, onye nkuzi ha nye ya ihe ọ ga-agụ n'ụlọ, ma butere ya n'echi ya ka ya lezie ihe o dere. Mgbe ahụ, obi ya na-aṅụ oke ọṅụ, n'ihi na chinchi gwara nwa ya ka o nwee ndidi n'ihi na ihe dị ọkụ a ghaghị ịdị oyi. Ugbu a, ọ hụla onye obi ya chọrọ, ma bụrụ kwa onye tozuru dimkpa, dị mma nwoke. Chi ọma a dịghị efo n'ụbọchị nile, n'ihi ya, mgbe ọ laruru n'ụlọ ha, o gosiri nne ya ihe onye nkuzi ha nyere ya mee n'ụlọ, ma ọ gwaghị ya ihe nile ya na onye nkuzi ahụ kwuru. Malite n'ụbọchị ahụ, onye nkuzi ahụ na-eleta Erimma anya nke ọma, ma na-enye kwa ya ihe ọ ga-eme mgbe ọ lara n'ụlọ ha. Ya mere Erimma jiri tinye uche ya nke ọma n'akwụkwọ ọ na-agụ. N'ime ụlọ akwụkwọ ahụ, mmadụ ole na ole matara na onye nkuzi ahụ hụrụ Erimma n'anya nke ukwu.

Onye nkuzi ahụ were Chikezie mee ka Erimma na-aga n'ụlọ ya wee rie ihe ma na-aṅụ ihe ọṅụṅụ. Mgbe ọ bụla ọ

chọrọ inye Erimma ihe, o dota ya n'ụlọ ya wee gwa Erimma ka ya na Chikezie gaa n'ụlọ ya. Mgbe ha richara, ha abịaghachi n'ụlọ akwụkwọ wee kelee onye nkuzi ahụ ekele. Mgbe ụfọdụ, Erimma akpọrọ ndị ọyị ya gaa. Ma onye nkuzi ahụ gbara mbọ mee ka ihu ya na Erimma ghara ịhụ n'ụlọ ya, ka o gosi ya na ya achọghị ime ya ihe ọnụ ga-eji kwuo nke ọ hụrụ na nke ọ na-ahụghị.

N'otu ụbọchị ụka, onye nkuzi ahụ hụrụ ụmụ akwụkwọ ya n'ụlọ ụka, o wee gwa ha na ya ga-abịa n'ụlọ ha ileta ha. N'oge ehihie, ọ kpọrọ onye nkuzi ọzọ wee pụọ, ha gaa n'ụlọ nwa akwụkwọ ụlọ ya dị n'azụ ụlọ akwụkwọ. Mgbe ha letachara nne na nna ya, nwa akwụkwọ ahụ wee kpọrọ ha gaa n'ụlọ ndị ọzọ, ma ọ dịghị n'ụlọ ha na-anọdụ ọtụtụ oge, wee ruo mgbe ha rutere n'ụlọ Erimma. Nne na nna Erimma dị n'ụlọ mgbe ha jiri bịa.

Mgbe ha kụrụ aka, nna Erimma wee gwa ha bata n'ụlọ, ha banye wee kwe ya n'aka, kọwara ya onye ha bụ. Nna Erimma tie mkpu, kwe ha n'aka ọzọ wee nye ha oche, ha nọdụ ala. O wee gwa Erimma ka ọ gaa gwa Izugbeakụ na ndị nkuzi ha bịara n'ụlọ ha. Erimma gaa mee dị ka ọ gwara ya. Nne ya wee bịa, kelee ha ekele, kwee ha n'aka, Erimma wee gwa ya onye bụ onye nkuzi ya, nke na-eleta ya anya nke ọma, ma na-enye ya ihe omume nke ọ ga-eme n'ụlọ. Nke ahụ wee ju nne ya anya nke ukwu, otu onye ahụ siri hụ nwa ya n'anya karịa.

Ha chọọ ka ha siere ha ihe oriri, ma ndị ọbịa ahụ jụrụ, kpaa aka na ntị. Nnajiọfọ gaa butere ha ite mmaị. Ha ataala ọjị, wee malite ịṅụ mmaị, ma na-akọ akụkọ dị iche iche. Mgbe ha chọrọ ịla, Nnajiọfọ kelee ya ekele nke ukwu, n'ihi inye aka ọ na-enyere ada ya, ma gwa ya jisie ike, n'ihi na onye a gwara ahapụla ihe ọ na-eme, gosiri na ọ na-eme ezi ihe. Mgbe ha chọrọ ịla, Nnajiọfọ gaa chinye ha ji anọ dị ukwu na otu ọkụkọ ha ga-eji sie ya wee rie. Nne Erimma bụ onye ghọnyere ha oloma, nye ha ajụ ogede chara acha abụọ, wee gwa ha laa n'udo.

Nna Erimma gwa ha na obi ga-adị ya mma ma ọ bụrụ na ha ga-abịa ileta ya mgbe ọ bụla oge dapụtara, ka ha nile wee kparịta ụka, ka ya mata otu ada ya siri agụ akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ ahụ. Ha wee kelee ha nile ekele pụrụ iche, nwata ahụ dutere ha wee bukọtara ha ihe nile ndị mmadụ bunyere ha, wee sota ha n'azụ, mgbe ha na-alaghachi n'ụlọ

ndị nkuzi.

Ugbu a, onye nkuzi ahụ enwetala ihe ọ chọrọ, o wee na-aga n'ụlọ Erimma mgbe ọ bụla ọ chọrọ. Nne na nna Erimma hụrụ ya n'anya nke ukwu, ma na-ebunye ya ihe ọ ga-enye onye nkuzi ahụ. Emesịa, dị ka ha nile siri hụ onwe ha n'anya, onye nkuzi ahụ were ụlọ Erimma ka ụlọ ya nke abụọ, nke mere na mgbe ọ chọrọ ịga gwa nne na nna ya na ya chọrọ ịlụrụ Erimma, ha ekwughị ka ha chee echiche, n'ihi na ha ewerela anya okenye jiri ahụ ihe danyere n'ime mmiri wee mata na ekele nwanyị na ibe ya aghọrọla ibi ọma. Ha ewerela ire ha gụọ eze ha ọnụ, ma ọ bụ uche ha ma nwoke ahụ bụrụ ọgọ ha.

Mgbe onye nkuzi ahụ jiri jụọ nne na nna Erimma ihe bụ uche ha, ha alaghị oge n'iyi wee kwere. Nwoke ahụ wee meere ha ihe obi jiri dị ha ụtọ nke ukwu. Ọ zụtara ha ọtụtụ ihe, ma na-azụtara ha ihe oriri dị iche iche, wee ruo mgbe ha kwekọrịtara na ha ga-ekwu ihe ọ ga-eme tupu ọ lụrụ ada ha. Unu matara na imi kpọrọ ụtaba a dịghị akpọ ntụ, n'ihi ya, nne na nna Erimma were ihe kwuchie ntị ha n'okwu ndị mmadụ na-agwa ha, bụ ndị chọrọ ka onye nkuzi ahụ ghara ịlụrụ ada ha.

N'ụbọchị ahụ ha ga-ekwu ihe banyere ego isi Erimma, ndị mmadụ gbakọtara n'ụlọ ha, ndị ụlọ onye nkuzi ahụ wee bukọta ite mmaị na-ekweghị ndị obodo ahụ ṅụchaa. Okwu ahụ wee danye nke ọma, o wee nye ha otu akpa ego n'ime akpa ego na nnụ ego ha kwutere n'isi ya. Omenala nile ha gwara ya na ọ ga-eme, ka ọ chọrọ ijiri ego wee mee ha. Ha gwa kwa ya ihe ndị ahụ pụtara n'ego, o wee nye ha ego. Ugbu a, ọnụ nne na nna Erimma na-agba ka ogbe ụkpaka, n'ihi na ihe dị n'ụlọ ọgaranya, dị n'ụlọ ibe ya. Obi wee dị onye nkuzi ahụ oke ụtọ, n'ihi na nwata rie ihe ọ na-amụrụ anya, ụra atụọ ya.

Mgbe onye nkuzi ahụ mechara ihe nile a gwara ya mee n'isi Erimma, Erimma wee gụchaa akwụkwọ isii ya lee ule ya, o wee ziga ya ụlọ akwụkwọ ọzọ, n'ebe ndị chọrọ ikuzi nkuzi na-aga ọmụmụ ihe. Erimma nọ n'ebe ahụ afọ abụọ. Ha wee gbaa akwụkwọ, tupu di ya enweta ihu ọma ịga ala bekee wee gụọ akwụkwọ. Mgbe ọ dị afọ, o jiri gaa ala bekee, ka o zitere Erimma ozi ka ọ bịa n'ala bekee. Erimma wee jikere, were ego o zitere ya zụkọta ihe dị ya mkpa wee gakwuru ya n'ebe ahụ. Mgbe o rutere, di ya gụrụ akwụkwọ



"Ha wee gbaa akwụkwọ . . . ."
". . . . anụ nwere ndidi, na-aṅụ mmiri ọma . . . ."

ịbụrụ dibia ọgwụ bekee, ma ya gụrụ akwụkwọ ịbụrụ onye na-eleta ndị ọrịa anya, na onye na-eji ime. Mgbe ha mụchara ihe wee lọta n'obodo di ya bụ agbata obi obodo Erimma, ha ghọrọ ndị mbụ gara ala bekee wee mụọ ihe n'akụkụ ahụ nile. Ugbu a, nne na nna Erimma amụtala na ọ bụ anụ nwere ndidi, na-añụ mmiri ọma, ma mmadụ a maghị afọ ga-amụ eze.

Ugbu a, Erimma na di ya bụ Adindu na-eleta nne na nna Erimma anya nke ọma, ha echetaghị na ọ dịghị nwa nwoke ha mụtara, ma ha echetaghị kwa na dị ka ha siri kwuo, onye nwere otu anya ji isi ụgwọ. Ndị be anyị, ọ bụrụ na ike agwụ ala, ọ ghọrọ mgboko, n'ihi ya ndị ahụ chọrọ ịgbachiri nne na nna Erimma ka nwoke ahụ ghara ịlụrụ ya, ugbu a, aghọrọla ndị na-abịa na-agara ha ozi, ka ada ha na ọgọ ha nwoke na-enyere ha aka, mgbe ọ bụla ha bịara ileta Nnajiọfọ na Izugbeakụ.

Emecheta kwuru na onye ọ bụla rituru n'elu anịkịrịja wee ghara ịsụ bekee, ọ dị ka o siri n'elu mkpọmkpọ aja wee rituo. Ka ọ dị n'ụbọchị nta, ka anyị chụọ n'azụ ụlọ nchi.